# 14 Philadelphia

Dị ka m si kwu n'ebe ọzọ n'akwụkwọ a ndị America na-akpọ Steti a 'State of Brotherly love'

Ọ bụkwa na steti a ka ha nọ wee nweta ike ọchịchị nke onwe ha wee gbapụ n'aka ọchịchị nke ndị Bekee. Ọ bụbu isi obodo nke America na mbụ. Ya bụ onye gachaa America ma ọ zọrụghị ụkwụ na Philadelphia ọ ga-adị ka onye richara nri ọma ọsọ ọsọ ma ṅụghị mmiri ji kpọdata obi.

Steti a mara mma. O nwere ụlọ akụ na ụlọ oriri na ezumike dị iche iche. Anyị ma na ọtụtụ ndị jẹ ego n'ala America bụ ndị Juu. Ha adịghị oke ọtụtụ na steti a ma ha bụ ndị ji akụ na ụba nọ n'ime ya karịa. Ụlọ akụ ụfọdụ ị ga-ahụ bụ ndị a:

- Wawa market
- Ohara's saloon
- House of spices of N.Y.
- Mimy bazaar
- Temple Auto
- Gino's Hamburgers
- Wawa food centre
- University Holilday Inn.
- Longaker Pharmacy.

Ụlọ akụ na ụba na nkwari nọ na ya gafere puku narị na iri abụọ na ise.

Ụfọdụ okpro ụzọ na Philadelphia bụ ụzọ nchere otu ihu ya bụ nke a na-akpọ "wan wee" dị ka "Walnut street" na Chestnut Street". E nwere otu nnukwu yunivasitii nke a ma ama n America niile dị n'obodo a na-akpọ 'University of Pennsylvania'. Ọ so na yunivasitii asaa na-ewu ewu



n'Amerịka. Ọ bụ ebe a ka nwanne m nwaanyị gụrụ. Ọ bụkwa ebe a ka o si nweta nzere kacha nzere bụ Ph.D. n'ihe a na-akpọ 'Demography'.

Oge anyị ruru na yunivasitii a ụmụ akwụkwọ na-alọta na-alọbata maka mmalite akwụkwọ simesta ha si dị. Ihe a na-ahụ ma na na-alọta dị ka ihe a na-ahụ ma ụmụ akwụkwọ na-alọta. Ị ga-esikwa n'ejiji ha, n'okwu ọnụ ha, na olile anya ha na ọgaramije he wee mata ndị bụ ndị ọhụụ n'ime. A sị na ọkụkọ bịara ọhụụ na-eji otu ụkwụ aga. Ụfọdụ ndị ọhụụ na-amakwa jọmpụ dị ka a ga-ahụkwa n'ebe ọzọ dị ka ụlọ akwụkwọ Nsukka, Ibadan na Lagos bụ ndị ga-eme ka ha macha ala niile. E tube a hụ dị na Philadelphia. Site New York ruo ya dị kilometa narị. Otu ụlọ anụ na-ewu ewu n'ụwa niile dị na Philadelphia. Ihe a na-akpọ ya bụ ụlọ anụ bụ 'Philadelphia Zoo'. Mgbe anyị jiri ruo ya, elekere ise akụọla mgbe ha ji emechi ịnabata ndị ọbịa n'ime ya bụzuu. A na-ama na-ana ụmụaka otu dọla na ọkara. Onye bata chọọ ịnọ ebe ahụ ruo mgbe mmechi nwere ike ime nke ahụ.

N'ebe zuu a dị okporo ụzọ moto garuru ya, tren na-agbakwa n'akụkụ ya, trọọlị nke bụ ụgbọ tren eletrik na-adọ ya a na-agba ọsọ na-agbakwa n'akụkụ ya. Nke a gosiri na oji ihe oji nwere ike ibịarute ebe ahụ. N'ime ya bụ zuu o nwere ihe a kpọrọ 'Philadelphia zoo safarị Monorail'. Site n'ụbọchị mbụ n'ọnwa Eprel ruo na ngwụcha ọnwa November onye chọrọ, nwere ike ịgba ya bụ ụgbọ igwe dị n'elu na-agbazu na zuu ahụ. Ihe e ji wee mee ọ bụrụ n'ọnwa ndị ahụ kwesịrị ka o wee anyị anya. Ọ bụ mgbe oke ụgụrụ ha ṅa-adịghị atụ. Kwa ụbọchị ihe na-abịa na zuu ahụ maka ilere anya na-aha ka ihe na-aga Empaya dee anyị mgbe gboo. Anụ niile nwere aha dị iche iche Chukwu kere dị na zuu ahụ n'igwe. 8/29

A bịa n'ihu ezi zuu ahụ nke e ji igwe gbagide ya ogide ma kụọ ọmarịcha falawa dị iche iche nke ọma. E doziri ya nke ọma tee ala ya na ime ya ezigbo kolta ma kawasịa ala ya otu moto ga-esi na-akwụ ebe ahụ notu n'otu. O nwekwara ebe a hapụrụ maka ndị ọrụ ahụ dị iche iche. N'ebe a mmadụ ahụ zuru oke ọ bụla enweghị ike ije ebe ahụ ga dọwa ụgbọ ala ya. Obi agaghị ekwe ya. Iwu ala ha megidekwere ya. Abụkwa m onye isi ike adịghị na nke ahụ. Ha ma ya ama. Ọ dịghịkwanụ onye na-

ahwa anwa ime ya. Ọ dịkwa mma ịrụta aka na ndị njem na ndị nlere anya si n'akụkụ ụwa niile na-abịa ebe ahụ maka ilere anya. Osisi osisi dị ebe ahụ na ndị gbara zuu ahụ gburu gburu kariri akarị na-eme ka ikuku ọma na-eku ebe ahụ. Mụ onwe m chere na ikuku na-eku ebe ahụ na-enye ndụ ọma nke ya. Okpuru osisi ndị a na-enye ezigbo ndo ma osisi ndị ahụ so wee chọọ ebe ahụ mma. Onye gachaa ma pụta, ndo ndị ebe ahụ na-eme ka onye ahụ nwee ezigbo izu ike.

N'akụkụ zuu ahụ e nwekwara osimiri nke e wuru akwa mmiri gafee n'etiti ya. N'akụkụ mmiri a e gboro ya simenti ebe ndị mmadụ bikwa ma sụchasịa akụkụ mmiri ahụ niile ndị mmadụ ana-anọ ebe ahụ, na-akpaghari na-ekpori ndụ. E wuru akwa mmiri ahụ n'afọ 1895. Ndị mmadụ na-anokwa n'akụkụ mmiri ahụ jiri nko azụ na-egbu azụ. N'akụkụ mmiri a kwa ma ndị ji moto ma ndị ji igwe na-akwụsị ikiri mmiri ahụ na ndị ụgbọ mmiri na-akwọ na ya tinyere ndị na-egbu azụ na ndị nọsị n'akụkụ ya niile na-esi na-ahụrị ma azụ na ihe oriri ndị ọzọ dịkwa ka nke nọ na Washington na ebe ọzọ ga, n'U.S. Ndị nwe sitii ahụ ahụ na-etinye nnukwu ego iji dozie ebe izu ike ahụ chọọ ya mma. E nwekwara mmadụ ndị ha na-echeta rụrụla obodo ahụ ọrụ ọma ma nwụọla ndị ha kpụrụ onyinyo ha dọwachaa na nge na nge gburu gburu osimiri ahụ na akwa mmiri ya.

Dị ka m kwugoro Steti Philadelphia na-ewu ewu ma ọ bụghị maka nnukwu yunivasitii ya bụ yunivasitii nke Pennsylvania bụ isi obodo ya, ya abụrụ maka ọtụtụ ụlọ ọrụ nke Federal nọ na ya. N'etiti isi steti ahụ e nwere nnukwu mgbịrịmgba nke a na-akpọ 'Liberty Bell' ya bụ mgbịrịmgba ha kụrụ maka iji nwere onwe ha. O nwekwara nnukwu ọgba mmiri pọmpụ na-agbali elu na-awụdata. Ha nwekwara n'ebe a ụlọ nzụkọ a na-akpọ paliamenti nke mbụ n'U.S. Ọ bụladị tebulu na pen mbụ ha ji dee ihe maka inwere onwe ha n'afọ 1774 nọ ebe ahụ ruo taa. Otu ihe dị ụtọ n'ihe niile a bụ na ya bụ steti mara mma nke ukwu n'ihina e nwere ihe ha na-akpọ 'thrash bin' ya bụ bọketi e ji etinye ihe ruru unyi nke a na-emesịa ndị na ebu ya, ebufuo ya. E nwekwara ebe nnọrị na izu ike dị iche iche nweekwa ịnyịnya ndi bụ onye chọọ kwụọ ụgwọ ọ gbaa. Akwa mmiri gafere Philadelphia jikọtara ya na New Jersey dị kilometa abụọ na



ụma n'ogologo. Kpọm kwem ọ dị kilometa iri abụọ na asao. Ọ bụ ọkụ ọbara ọbara na akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ na-egosi ndị moto mgbe ha ga-agafe na ebe ha ga-agba. Ọ bụkwa ihe nkiri ịnụ na ịhụ ndị nwere helikopta ha ya bụ ụgbọ elu ntakịrị ofelie ọkwụsị ha na-edowe n'elu ụlọ elu ha. Ha chọọ ịpụ ha rigoro ụlọ elu ha baa n'ime ụgbọ elu ha ahụ. Ha lọta, ha esikwa n'ime ya rịpụta rịba n'ime ụlọ ha. 8/5

Ndị moto gwongworo ha na-agbakarị n'abalị ka ụgbọ ndị obere nwee ike na-agba n'ehihie.

*Hiltonian Hotel.* Onye chọrọ ofe ọma ọ bụ ego. Mgbe ode akwụkwọ chọrọ igaru Philadelphia ma nọtụkwanụ ebe ahụ ma legharịa anya, ọ bụ n'ụlọ oriri a ka ya na ndị njem ya nọrọ abalị abụọ.

Ụlọ oriri a nwere aha a dị na mba ụwa dị elu dị iche iche. Ọ dị n'ala Bekee dịrị na France otu e si dịrịkwa n'ọtụtụ Steti dị n'U.S. Ebe ọ dị otu a ya bụ ụlọ nri na-ewu ewu ya na mma ya na nleta ọma a na-eleta ndị na-ehi ụra n'ime ya, ma ọ bụ ndị na-eri ihe ebe ahụ.

Ime otu ọnụ ụlọ ụlọ a sara ezigbo mbara. Kapet dị n'ala ya dịnọọ yọrịị na-eme ka ọ ga-asị onye ike gwụrụ dina na ya. O nwere t.v. nke na-egosi otu ihe ọ bụla dị na kọlọ ya ya bụ ma ihe ahụ ọ na-acha ọbara ọbara, akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ, ọ ga egosi ya otu ahụ. E nwere telefonu nke ọ na-abụ mgbe ọ bụla e welitere o na-arụ ọrụ. Ndị a na-enwe n'ala anyị n'ọtụtụ ebe bụ ihe ndị e ji achọ mma. Ezigbo ugegbe dị n'akụkụ isi ime ụlọ ahụ dịrịkwa n'elu tebulu ha dowere maka iji lee mma ma ọ bụ njọ mmadụ dị, ya bụ tebulu e ji achọ mma. Enyo ndị a ma mmadụ elezighị anya a gaghị ama na ha bụ enyo. Ha na-acha zaa na-egbukepụ egbukepụ nke mere na ọ bụrụ na ọ dị mfe mmadụ gara iji ọcha ha hụ eriri afọ ya.

N'ime ebe a na-asa ahụ bịa lere. Ncha ụdị atọ dị ya, mmanụ otite nke a na nke ọzọ akwa mmiri nke a na nke ọzọ nọ ya. Mmiri ya ma nke ọkụ ma nke oyi na-agba oge niile dị ka mmiri ha na-agba oge ọ bụla. Ọ bụ eziokwu na n'ụlọ ebe anyị nọ dị ukwu ise n'elu. Anyị jikwa 'elevator' ya bụ ihe ndị Bekee na-akpọ 'lift' ọdọlị elu wee gaa ebe ahụ. Ma ke ka nke bụ mgbe ọ bụla ikpọrọ ndị ọrụ ahụ oku ọ na-adịka e dowere ha otu ebe ozugbo otu onye agbarutela jụọ ihe ị na-akpọrọ ha 'Saa' anaghị akọ

ha n'ọnụ. Ha anaghị atụfu/oge n'ije ozi. Ihu mgbarụ adịghịrị ha. Onye rahụsịa ụra n'ụlọ a ya elezighị anya ya arahụ awa iri abụọ na ise n'otu ụbọchị. N'ezie onye chọrọ ụlọ nri ọma n'obodo ukwu ndị a mepere emepe aghaghị ịga kpọtụrụ ndị 'Hilton Hotel'. Ha nwere mkpa ọkụ nke ha, nwee glasị na ihe ndị nke ọzọ e biri aha ha n'ahụ ha. Ọ dịghị ihe dị onye ije mkpa na-anọghị n'ụlọ nri a ma klọkụ, telefoonu na t.v. nke kọlọ. Ọnụ ego ya bụ otu onye dọla iri anọ na anọ otu abalị nke mmadụ abụọ dọla iri ise na itolu. E nwee mmadụ mmapụta a kwụọ dọla iri na ise maka otu onye. Taksi a na-akwụ adịghị na nke a. Ha dị egwu. Ya bụ ụlọ nri so wee mee nwa mara mma bụ Philadelphia sị ya ka ọ makwuo.

N'ezie kwa e gosipụtara na Philadelphia bụbu isi obodo nke America na mbụ n'ihi na ihe ọ bụla nwere aha n'ụwa e ji eme ka ihe dị mkpa ma ọ bụ mma dị na ya.

9-20




*Nkem na nwanyị nwanne ya nọ na zuu nke Philadelphia*



# 15 Connecticut

Na Steti nke a ka m bi ebi mgbe gara njem a. Ya bụ obodo na-ekpo ezigbo ọkụ oge okpomọkụ nke mere na m nwere ike mgbe ụfọdụ yiri naanị singleti nọdụ mụ na ụmụaka ana-agba bọọlụ na-atakasị eze. N'ụtụtụ ụfọdụ m na-amapụtakwanụ n'ụra wee mee ihe ha na-akpọ 'jogịng' ọsọ ụtụtụ iji wee mee ka afọ m na-achọ ibuwe ibu n'ihi oke nri ọma na ihe ọṅụṅụ m na-ekpori mgbe ahụ belata.

N'ogige nke m nọ na ya bụ na nke ndị yunivasitii ukwu ochie a ma aha ya ama bụ Yale. Obodo ahụ na-ekpo ọkụ n'ihi ya bụ oke ụlọ akwụkwọ kasị elu ma na-ewu ewu n'America na n'ụwa dum. A kpọ mpaghara obodo ahụ bụ Yale aha na mara na ọ bụ ya bụ yunivasitii ka a na-akpọ aha n'ụzọ ọzọ. Iji maa atụ ya, ọ dị ka ebe a na-akpọ Nsukka n'ihi na ya bụ obodo Nsukka toro n'ihi oke ụlọ akwụkwọ ahụ bụ 'University of Nigeria' nke dị na ya.

E wezụga yunivasitii nke Yale, e nwekwara ụlọ akwụkwọ ndị ukwu ndị ọzọ tinyere 'New Haven University' na Southern Connecticut College ndị so na ndị a makwa aha ha na-ewu ewu.

# 16 Yunivasitii nke Yale

Dị ka m si kọwaa na a na-akpọ Yale bụ maka yunivasitii nọ na ya. Yunivasitii a nke malitere kemgbe so n'otu n'ime yunivasitii asaa bụ ọkpọka nọ ni Amerika ndị a na-akpọ n'olu Bekee 'Ivy League Varsities.' Ndị ọzọ bụ Havard, Pennsylvania, Princeton, Darmouth, Columbia na Cornell. Alà ebe e wuru yunivasitii a kariri akarị. Ụlọ e wuchara na ya ụfọdụ n'ime ha yiri ụlọ ụka Katidral ma nwechaa mpio mpio ọnụ n'elu ha. Ọ dị ebe abụọ m gara nke ọma n'ime yunivasitii a. Otu bụ n'eke ọba akwụkwọ ha (laibrari) na ngalaba abụ na egwu (music). Ụlọ laibrari ha toro oke ogologo n'elu ụkwụ ụlọ iri na otu n'elu ma nweeka ihe dị ka ụkwụ ụlọ anọ n'ime ala.

Akwụkwọ nọ na laibrari ha ka ha gwara m dị nde asaa na ụma. Ya bụ a sị ndị Igbo niile ma ụmụaka ma ndị okenye ma ikoro na agbọghọ ma oji ụkwụ aga ma e ku n'aka gaa ebe ahụ, onye ọ bụla ga-enwe ike ya na otu onye ọzọ eketa otu akwụkwọ. N'ihi imerime akwụkwọ ha nwere na ndị ọzọ a na-eziteere ha kwa ụbọchị kwa ụbọchị, ha enweghikwa oghere ebe ha na-edowe akwụkwọ. Ihe ha na-emezi iji mee ka ha na-enweta akwụkwọ ọhụụ na-etinyekwa na laibrari ha ha na-esezi akwụkwọ ụfọdụ foto wee dowezie nyunyo ha ha na-akpọ negetiv foto nke ha na-etinyesi n'obere mvulopu dee ha aha na nọmba dowezie. Onye chọzie ịgụ otu akwụkwọ ndị a ya kpọọ aha ya ha enye onye ahụ fiim ahụ ya ejee n'enyo igwe ebe a na-etinye ha na-agụ wee gụọ.

Achọghị m ka a kọọrọ n'ọnụ efụ ka nke a si eme. Ajụrụ m ha maka kalenda yunivasitii nke North Western nke m chọrọ ịgụ ihe maka ya. Ha wepụtara otu obere mvulopu sepụta fiim dị n'ime ya. Mụ etinyere ha aka n'akwụkwọ na m ewerela ya, ha enye m ya. Agara m n'otu enyo igwe ndị ahụ tinye fiim ahụ. Ka m tinyere ya gba hee igwe ahụ, mkpụrụokwu



apụtawa dị okpotokpo. M na-agbali aka igwe ahụ elu m na-ahụ mkpụrụokwu ndị ahụ. Ka m gbalichara ya, m gbalawa ya aka nri m na-ahụ ihe niile e dere n'ime ya bụ Kalenda. E mechara ọ dịwazie m ka sinima na-atọ ụtọ ile ele. maakwa mma n'ọgụgụ. Otu a ka m ji wee gụchaa ebe m chọrọ na kalenda yunivasitii ahụ ha ka nke Nsukka ma ọ bụ Ibadan.

Ka m pụtara ebe leghari anya, m hụrụ na igwe e ji ese akwụkwọ foto jụru ebe niile. A bịa notu ọnụ ụlọ obere e nwere ike inwe abụọ ya ma ọ bụ atọ. Onye tinye ego ya, ọ tinye akwụkwọ ọ chọrọ ise foto, ọ pịtụ ya aka were foto akwụkwọ ya pụọ. Ya bụ fotostat na-ada naanị senti ise ya bụ ihe dị ka kọbọ atọ anyị. Ọ dịghị onye mmadụ ga-asị meere ya. A na-eji lift arigo na-arịda n'ụlọ ha ndị ahụ. Onye chọọkwa iga na stepu onye ahụ agaghị ama mgbe ọ ji gachaa ya n'ịhina stepu ha mara mma.

Ha nwere ụdị laibrari abụọ nke ndị enweghị nzere mbụ na ndị nwerela nzere mbụ. Okporo ụzọ nọbichiri ha abụọ. Nke mere ha na-esi n'ụzọ nọ ime ala a na-akpọ tonelụ e si n'otu agafe na nke ọzọ.

Site na laibrari ha a gara m na nke ndị muzik. Ọtụtụ ngalaba nwere ọba akwụkwọ ma ọ bụ laibrari nke ha. Otu o si dị na nke nnukwu nke yunivasitii a ka o si dị na nke ngalaba a. Ha nwere narị puku na puku iri otu nde akwụkwọ na ụma. Ọ dịghị akwụkwọ uri ma ọ bụ nke nwere aha a ma ama nke a naghị ahụ ebe ahụ. Ọ bụladị akwụkwọ uri (muzik) nke Bach, Handel, Mozart, Haydn, Schumann na ndị ọzọ jị aka nkiti ha dee nọcha ebe ahụ. Ọ bụrụ na ya bụ akwụkwọ ahụ nke kpọm kwem akwụkwọ ahụ nke e sere foto anọrọ ya. Akwụkwọ Bach nọ ebe ahụ dị iri anọ na isii. Ọtụtụ akwụkwọ ha nọ n'elu elu ndị ọzọ nọ n'ime ụlọ dị n'ala ala. Nke onye chọrọ a kpọ ya aha ha ga-achọta ya ozugbo.

Mgbe m hụchara nke a, ọnụ kuru m akpụ. Ajụrụ m ha maka ebe a na-anọ akụzi ihe ma o nwere ngwa uri dịgasị ya. Ha gwara m na ụlọ ebe ngwa uri dị dị iche. M mechara ga hụ ya. Ajụrụ m maka ụmụ akwụkwọ ole nọ na ngalaba muzik na ndị nkuzi ha. Ụmụ akwụkwọ ndị elu na ndị ala nọ na ngalaba ahụ dị ihe dị ka narị abụọ na ise ruo na narị atọ. Ndị nkuzi nọ ebe ahụ dị ọtụtụ. Ebe e bipụtara aha ndị nkuzi na-akụzi na

ngalaba ahụ n'akwụkwọ sọọsọ ndị nwere Ph.D na n'ihu akwụkwọ kwoto otu na mkpirisi. Ijizi wee gosị ka ọnụ ọgụ ndị na-akụzi ngwa egwu dị iche iche ha:

| Ngwa egwu/Ihe ọmụmụ | Ọnụ ọgụ ndị nkuzi |
|---|---|
| Piano | Iri na asaa (17) |
| Organ | Iri na asaa (17) |
| Composition | Iri na anọ (14) |
| Voice | Iri na asaa (17) |
| Violin | Iri abụọ na ise (25) |
| 'cello | itolu (9) |
| Double bass | Isii (6) |
| Guitar | abụọ (2) |
| Conducting Orchestra | Ise (5) |
| Conducting choral | anọ (4) |
| Flute | asaa (7) |
| Clarinet | ise (5) |
| Bassoon | atọ (3) |
| French horn | anọ (4) |
| Trumpet | isii (6) |
| Trombone | abụọ (2) |
| Percussion | ise (5) |
| Harp | otu (1) |

Nke a ga-egosị otu ha si wee were ihe ọmụmụ ha. Ọ bụ ebe a ka otu onye prọfesọ anyị nwere na muzik ugbu a bụ Prof. Laz. Ekwueme gụrụ akwụkwọ.

Mgbe m si ebe a pụta, agara m n'ebe ha na-edowe ngwa egwu ha dị iche iche site na ndị nke kacha ochie ruo na ndị a na-emepụta ugbu a. Ọ dị otu ihe bụ ihe nhazi ha mere. Ha anaghị azụtara ụmụ akwụkwọ ngwa



egwu. Nwa akwụkwọ ọ bụla na-azụ nke ya na-ebu na-abịa ịmụ ihe. Ndị ha na-azụ bụ ndị dị oke arọ dị ka ọgan na piano ndị nke otu nwa akwụkwọ agaghị azụtanwu ma nweekwa ike na-ebugharị.

N'ụlọ ebe ha na-edowe ngwa egwu ndị a nke nọ na 15 Hillhouse Avenue na Yale ebe ahụ, ahụrụ m ngwa egwu dị iche iche ma ndị tarala nchara kemgbe e si nweta ha ma ndị nke taa. A chọchara ha mma ma dewe ha n'usoro nusoro, dee mgbe e ji nweta ụfọdụ n'ime ha mbụ na ebe ha nwetara ha.

Ụfọdụ ngwa uri ndị ahụ m hụrụ na ebe ha si na mgbe e ji nweta ha bụ ndị a tinyekwara ndị nke ọhụụ ha:-

1. Violin Oxford 1684
2. Keyed bugle Boston 1853
3. Flute N.Y. 1860
4. Clarinet 1830
5. Hardanger Pele Norwegian 1925
6. Bowed zither 1856
7. Mayuri India
8. Kolo (bowed zither) Japan
9. Dobachi resting bell – Japan
10. Gong bronze S.E. Asia
11. Sheng – China 1100 B.C.
12. Hua gu (Barrel drum) China
13. Sansa (lingua phone) ụbọ aka Sudan
14. Tambura Sudan
15. Pi/pa China (206 BC – 220 A.D.)
16. Square Piano Boston 1820
19. Harpischord Antwerp (1640)
20. Double Qin Viginal China 220 A.D.

Ndị a bụ iji ma atụ. Ha hiri nne ma sigasịa n'obodo ụwa dị iche iche. Onye chọzie ịhụ ha onye ahụ na-eje n'ụlọ ebe a lere ha n'oge e ji emepe ebe a. Ụlọ ha abụghị ụlọ okpụ, kama ọ bụ ụlọ nlere anya ịhụ otu ngwa egwu ndị ahụ dị ma ndị ọhụụ ma ndị ochie. Onye chọzie ya ga zuru n'ebe a na-ere ha.

Yunivasitii Yale so na ndị a ga-asị na ha anaghị achọ ka ha nwee ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ma ọ bụ ihe mgbanwe mana ọnụ ọgụ ụmụ akwụkwọ ha nwere oge a dị ihe dị ka puku iri na otu na ụma. Ha na-amụkwa asụsụ ndị ochie ahụ dị ka Hibru na Latin. Ma n'ikwu eziokwu, o teela ha n'ihe niile mewere.

Ọ dị otu ebe m gakwara na yunivasitii Yale dị ima iji maa atụ. Agara m n'ebe a na-akpọ 'admissions office' ya bụ ebe a na-anabata ndị ọhụrụ nke ndị nwegoro nzere mbụ. Mgbe m ji ruo ebe ahụ bụ oge ndị ọrụ nọ n'ezumike ehihie ihe dị ka elekere mbụ nke ehihie ha. Ọ dị tebulu iri na anọ m hụrụ ebe ahụ nke telefoonu dọchakwa n'elu ha. Ndị ọrụ ha nwe tebulu ndị a pusiri apụ ya fọdụ sọ otu onye ọrụ nwaanyị. Bịa lere! Foonu nke a kụọ nwaanyị a agaa na nke ha zà, chịa, tọgbọ bịa nye ụmụ akwụkwọ akwụkwọ ha chọgasịrị n'ihu ọcha gaakwa ebe a na ebe ọzọ chọtaara onye chọga ihe ọ chọro. Nke na ọ gaghị emenwuru onye ahụ ya si onye ahụ chetụ ma ọ bụ bịaghachi. Ihe a ekweghị m ewepụ anya n'ihi na nwaanyị a mere ya n'ihu ọcha na obi ọma n'ihi na ọ bụ ka ha si arụ.



# 17 Southern Connecticut College

Mgbe m gachara na yunivasitii yale m gakwara n'otu nnukwu College nke aha ya dị n'elu. M gara ebe ahụ ka m gaa jụta ha ụzọ m ga-esi enweta kalenda ha na akwụkwọ ha na-eji anabata mmadụ ebe ahụ.

Ka m ruru ebe ahụ jụọ ha ebe m ga-enweta ihe ndị a n'atụfughị oge ha rụụrụ m aka ebe ihe ndị a nọ ma chinyekwuo akwụkwọ nkọwa niile maka oke ụlọ akwụkwọ ahụ. Atufughị m oge n'ikele ha ezigbo nkele. Nke a chetaara m maka ụbọchị si Owere gaa Zaria iga nata ha ụdị akwụkwọ a. Ka m ruru ijụta ihe rara ahụ. Ka m jụtasịrị, ha si m gaa kwụọ ụgwọ wega ebe m ga-anata akwụkwọ ịkpọbata ahụ. Ka m na-emesịa gaa ebe m ga-anabata ya bụ akwụkwọ onye na-enyeyasị na ike agwụla ya, ka m bịaghachi ma chi foo. Leenụ! Anyị kanwekwara ogologo ụzọ ịhazi onwe anyị na ndụ anyị n'ala anyị a.

Ọ bụ na Southern Connecticut College a ka nwunye m gụtụrụ akwụkwọ mgbe ọ bịaghachiri Amerika nke ugboro abụọ ruo mgbe mụ onwe m bịaghachiri m kpọ ụmụaka anyị bịa ka m kpọrọla ya anyị wee gaa Buffalo nke nọ na steeti New York.

# 18 Ọdụ ụgbọ elu New Haven

Isi obodo Connecticut bụ New Haven. Dị ka isi obodo Steti ndị ọzọ ndị a nwekwara ọdụ ụgbọ elu. N'ihi nsọ steti a dị site na New York ọdụ ụgbọ elu ya ebuchaghị ibu. Ọ bụghịkwa na ọ kaghị nke P.H. anyị kama n'anya ha ọ dị obere.

Ka m ruru ebe ahụ mụ na ndị mụ na ha yi anyị hụrụ ụmụ obere ụgbọ elu dị iche iche. Agụtara m ụgbọ elu iri isii na anọ nọ n'ala otu mgbe. Ụfọdụ n'ime ha bụ nke mmadụ abụọ ma ọ bụ otu onye ndị bụkwanụ ndị nke ha ka F 27 nke anyị na-anaghị ebu oke ọtụtụ mmadụ. Ndị mmadụ nwe ọtụtụ n'ime ụgbọ elu ndị a. Ndị a nwe ha ha bịa ha adọwa ụgbọ ala ha were ụgbọ elu ha felie. Ha fegharịchaa gachaa ebe ha chọrọ, ha adaa, dozichaa ụgbọ elu ga baakwa n'ụgbọ ala ha laa. Ka anyị nọ na-ele o nwere otu nwa agbọghọ ji otu plen fedata ma kemgbe taa kemgbe echi ọ maghị otu ọ ga-esi emenyụ ọkụ injin ya. Ka ọ nọzị na-ebịgheri aka, onye nọ na tawa wee mara na o nwere nsogbu wee zie otu onye ọ gbaa ọsọ ga nyere ya aka menyụọrọ ya ọkụ plen ahụ o wee pụtazie. Ugbu a anyị nweziri nwaanyị bụ nwaanyị bụ Chinyere Onyenucheya na-efe ntụfụrụ n'ụgbọ elu ka m sịrị ikekwe otu a ka o jịrachaa ya ahụ tutu ọ bịa bụrụzie agụ n'ikwọ ụgbọ elu.



# 19 Peabody Museum

Onye gara njem nleghari anya ọtụtụ mgbe na-aka onye bi n'ala ebe ihe ụfọdụ dị na-anaghị enwe efe agagharị eleta ihe ụfọdụ. Otu ebe ọzọ m jere ga lelee bụ otu ebe ọ ga-abụ onye gachaa na Connecticut ma ọ garughị ọ mara na ọ fọkwala. Ebe ahụ abụghị ebe ọzọ karịrị ebe ha na-edowe ihe ọkpụ ha ha kpọrọ 'Peabody Museum.'

Ụlọ ihe ọkpụ a pụwagara iche maa mma ma buokwa ibu. Ọ ka ọtụtụ ogige ụlọ akwụkwọ kọleji anyị. Ọ dịghị ihe a kpọrọ aha site n'aja mmiri ruo na nkume e ji arụ ụlọ, site na ụkpara ruo n'enyi mmiri, site na mbara awọ ruo n'enyi na ụmụ ihe na-agba agba, ndị na-arị arị, ndị na-ata ata ma ndị na-egbu na ndị na-elo mmadụ na-anọghị ya. Ụfọdụ bụ ihe ahụ n'eziokwu ebe ọ kpọrọ nkụ, ụfọdụ abụrụ ebe e sere ha ese, ebe ndị ọzọ ~~bụ ebe~~ a kpụrụ ~~ha~~ akpụ ma ọ bụ foto ha. Ọtụtụ ihe ndị ahụ bụ ndị ha na ụwa bụ ebiri ruo na ndị a na-ahụ taa. Ọ bụladị okpokoro isi mmadụ na isi mmadụ dị ka a miri ya ikpo nọrị ebe ahụ.

O nwere ụbọchị na oge a na-aga ebe ahụ onye ahụ akwụọ ụgwọ edughariạ ya. Mana ụbọchị mụ na ndị m gara abụghị ụbọchị dị otu a. Ọ bụ ụbọchị 'ji aka gị gagharia akwụla ụgwọ'.

Ihe ndị m hụgasịrị bụ ndị a

1. ụdịrị mmadụ na anụ ndị yigasịrị mmadụ
2. Ihe ndị na-enyere ọrụ ubi aka – idide na eju dị iche na mkpo ha
3. Ihe ndị na-ebutere mmadụ ọrịa nọkpụrụkpụ ma ọ bụ okpo dị iche iche, anwụnta nta, ọdụdụ igwu, akpị, udide, ebe, iji, ọchịcha (ụchịcha) egu dị iche iche ma ndị ọma ma ndị ọjọọ
4. Azụ dị iche iche

5. Mbe ụdị dị iche iche
6. Aghụ mmiri – otu nke kacha nọ ebe ahụ ha na-akpọ 'Thunder Lizard,' ọkpọkoro ya buru ezi ibu ma isi ya dị ntakịrị na isi ya dị ntakịrị N'atụfughị oge agara m ya mma ụkwụ m iri na itolu iji wee si n'ọdụ ya ruo n'isi ya.
7. Agụ iyi dị iche iche. Otu nke ha kpọrọ 'African Crocodile' nọ ebe ahụ dị fiiti iri isii na asaa n'ogologo, iri na isii n'elu ma arọ ya abụrụ ton iri atọ na ise.
8. Nnụnụ dị iche iche. Otu nke ka nke nọ ebe ahụ ha na-akpọ 'Giant Moa' nke si New Zealand dị fiiti iri n'ogologo na fiiti asatọ na mkpirisi n'ogo.
O nwekwara otu nke ha kpọrọ 'Otisville Mastodon' nke a hụrụ okpokoro ya n'ọnụ otu nwoke a na-akpọ Mr. Anrew n'ime New York ha azụrụ ya okpokoro nnụnụ a yiri enyi dọla narị asaa na dọla iri ise.
9. Ele, ịnyịnya, kwara, enwe dị iche iche ndị yichara mmadụ na ndị na-atụ ụyọ. Ọ bụladị ụmụ ọsa, uze na ewii nọcha ya.
10. Mkpo dị iche iche na ndị ejula na ụmụ ibe ha.
11. Ihe a kpụrụ sicha akụkụ ụwa dị icne iche
12. Ihe a pịrị apị dịkwa ka ihe a kpụrụ akpụ si gburu gburu ụwa ebe anya ha ruru.

Tụtụ mmadụ agaa ebee gachaa ya were were ọ ga-eru ihe dị ka awa atọ. Ụfọdụ ihe ndị a nọ n'ime ihe e ji ugegbe ruo. Onye akpachaghị anya agaghị ama. Ụfọdụ nọ n'ebe ụlọ elu, ụfọdụ nọ n'ụlọ ndị nọ n'ala ala. Ọ bụ ji anya hụrụ. Ije ebe ahụ gaa lee ihe ndị a kwesiri omume.



# 20 Ụgbọ ala

Ikwu ihe gbasara ụgbọ ala dị n'America dị ka ikwu otu mmadụ ha na Naịjirịa. N'iji kwuo otu ọnụ ọgụgụ ụgbọ ala ha ebe ahụ ọ bụrụ na e nwee ihe dị ka mmadụ ise n'otu ezi na ụlọ mara na e nwere ihe dị ka ụgbọ ala atọ n'ezi na ụlọ ahụ.

O nweghị ụdị ụgbọ ala na-enweghi n'ebe ahụ. Ọ bụrụ na e nwere ụgbọ ala otu afọ mara na ọ dị n' America Ụgbọ ala nta ndị nwere ike ibu mmadụ iri otu mgbe dị ya. Ndị na-ebu mmadụ abụọ dị na ya. O nweghị ụgbọ ala ọ bụla nwere aha nke na-ejughị n'obodo America. Ọ bụladị ụgbọ ala ha bụ tagzi nke ha na-akpọ Limozin ka ụbara n'ụgbọ ala bụ 'Chevrọlet'.

Ụgbọ ala ndị a juru pịtịịm n'America

1. Mercury
2. Dodge
3. Buick
4. Volvo ma 144, 145, 164, 242, 244 na 245
5. Volkswagen
6. Cardilac
7. Ford
8. Mazda
9. Impala (Chevrolet)
10. Mustang
11. Plymouth
12. Mercedes Benz

13. Chrysler
14. Century
15. Fiat
16. Toyota
17. Lincoln continental
18. Peugot
19. Datsun
20. Capri
21. Pontiac
22. Pintor
23. Rolls Royce
24. Renault
25. Austin
26. Honda Accord
27. Civic Honda
28. Zephr
29. Matador
30. Montage Mṣ subaru
31. Cornette
32. Thunderbird
33. Turbo Saab
34. Volkswagen Rabbit
35. Cardilac Fleetwood
36. Cardilac Eldorado

Ụgbọ ndị a bụ ọtụtụ ndị nke ode akwụkwọ hụrụ n'ọtụtụ okporo ụzọ ọ gbara.

Tagzi ha na-acha uhie uhie ma buru redio burukwa telefoonụ nke ọ



bụ onye chọọ ya akpọọ ha, e nwetakwa ha. Ụgbọ ala ha ndị ukwu dị ka trela na-agbakarị n'uchịchi. Dịkwa ka ụzọ ha si dị ọ naghị abụ onye si n'aka nri chọọ ịgbaba aka ekpe "ugbọ ala ndị ọzọ ma ndị si n'ihu ma ndị si n'azụ abịa kwụsịwaara yạ. Okporo ụzọ ha bụ nke anyị na-akpọ 'eṣpress way' n'ebe a. Ọ bụrụ na a na-agba ya ha niile ga-eche ihu n'otu ebe. Onye chọrọ isi aka nri gaa n'ụzọ gara aka ekpe, ga-ele anya ruo ebe ụzọ ọ ga-esi apụ dị n'aka nri. E ruo ebe ahụ onye ahụ agbapụ n'aka nri gbaa n'elu ma ọ bụ n'ime ala wee gbafee n'aka ekpe. Nke a mere ka okporo ụzọ njem bụrụ ojije ojijẹ ọ bụghị kwụsị ma chere ka m gafechaa nke anyị na-eme n'ala anyị a.

Dị ka anyị si enwe nọmba ụgbọ ala n'ala dị ka ECW 3611, LA 7901K, IM 6441, MOZ 640, IM 1433W ọ dịghị otu a n'ala ha. Onye zụọ ụgbọ ala ya nwere ike werẹ nọmba a ga-eji na-ama ya ma ọ bụrụ na o nweghị onye nwere nọmba dị otu ahụ. Ụfọdụ na-azụ nke ha, ha edee aha ha dị ka nke otu nwoke onye Igbo bi na New York nke nke ya bụ OBI-I ebe aha ya bụkwa Obi.

Ha anaghị edekarị nọmba ụgbọ ala ha n'ihu ụgbọ ala ha, Nọmba ndị a bụ nọmba ụgbọ ala ụfọdụ ode akwụkwọ nyotara n'ụgbọ ala ndị ọ hụrụ. Ha ji aka na-arịọkwa ka ndị nwee ha ghara ịgba ya akwụkwọ.

Nọmba ndị ahụ bụ ndị a;

1. 989 – UHE<br>New York
2. Illinois<br>JFK 405
3. 810 OLD<br>New York

4. New Jersey
565 – HVD
Garden State

5. Florida
GHA – 384
LEON

6. 637 – UUO
New York

7. Anerable
New York

8. OBI – 1

9. 906 – BSS
New York

Trela ha na gwongworo ha dị iche iche na-enwekarị mgbachị. Ọnụ ọgụgụ ha dị na nde ọ rara ahụ ịhụ otu trela ma ọ bụ gwongworo nke mmadụ abụọ dị n'ime ya otu mgbe dị ka otu anyị na-enwe ọkwọ ụgbọ (draịva) na onye inye aka ya. Ọ dighị otu ahụ ebe ahụ n'ihi na ụgwọ a na-akwụ ndị a buru ibu nke mere na ọ dighị ofere ịkpọrọ mmadụ abụọ otu oge si ha otu onye na-anya nke ọzọ na-eso ya. Ọ ga-abụ itufusị oke ego.

Ihe ndị ọzọ sokwa mee ka ọ dị otu a n'ihi na ọ bụrụ na ụgbọ ala ahụ emebie ndị uwe ojii ma ọ bụ ndị otu ụgbọ ala ha na-abịa ozugbọ tinyere



ha aka mezie nke ahụ ọsọ ọsọ mee ka ọ zọlie gawakwa njem ya. N'America e kee ụmụ nwaanyị nọ ya ụzọ anọ, otu ụzọ na-akwọ ụgbọ ala. Na ndị isii ojii nọ na ya e kee ha ụzọ iri na otu ụzọ n'ime ha na-anya ụgbọ ala. Nke a ga-egosịzi otu ọnụọgụ ụgbọ ala ha nwere ha. Nke a mere na a bịa n'ụlọ akwụkwọ ọ bụla ebe ahụ ọnụ ọgụ ụgbọ ala akarịa dịzie ka ọnụ ọgụ ụgbọ ala a ga-ahụ n'ala anyị mgbe a gara egwuregwu bọọlụ nke Rangers na Spartans ma ọ bụ mgbe a na-eje ịnabata onye isi ọchịchị ala anyị ma ya bịawa otu obodo.

N'ihi ọtụtụ ụgbọ ala juru n'ala ha, petrolu ha na-añụ kwa afọ nke a kee ya ụzọ anọ otu ụzọ si n'ala anyị dị nde puku barelu a gụtaghị ọsọ ọsọ n'ọnụ ọgụgụ. N'ihi na ha na-añụ mmanụ si n'ala anyị, anyị na ha dị na mma. Ma n'ihi na anyị na-eso na ndị ha a na-akpọ obodo dị n'ime otu a na-akpọ O.P.E.C. na-ebupute mmanụ na-eweli ọnụ mmanụ anyị ọnụ kwa mgbe kwa mgbe ọ naghị adịcha ha mma. Nke a mere ha ji eche na anyị na-amịrị ego ha. Ọ dịizie ebe ụfọdụ ha gara inyere obodo anyị aka ma ọ bụ ụmụ akwụkwọ anyị ma ọ bụ ndị si n'obodo anyị ha anaghị emenyere onye ahụ.

Ọ bụkwanụ ezie na anyị nwere mmanụ ma na-egwupụta ya na-esi ya mana ebe a na-esipụta mmanụ n'ọtụtụ ebe n'ala ha dị ka otu nke m hụrụ na Philadelphia kacha ụdị ihe ahụ dị na Warri na Kaduna n'ala anyị. Nke a kwesịrị ikuziiri anyị ihe. Nkuzi ihe bụ na ọ bụ eziokwu na ha enwekebeghị ebe a na-egwupụta mmanụ mana ebe ha na-esi mmanụ ha na-enweta na mba ndị ọzọ tinyere nke obodo anyị ka ndị ụfọdụ kwa mmanụ ụgbọ ala anọdụ nyakwụ nyakwụ n'ọdorokpụ ma n'ahịrị na-eche, ọ dighị otu a n'obodo ha. Kama ọ na-adi otu a ya abụrụ na ọnụ mmanụ latụrụ elu. Ọ bụghị na a gaghị ahụ ya ahụ. Ya mee otu ahụ, eziokwu ara ga-agba ha n'ihi na ndụ ha dị na mgbagharị.

N'ihi ihe a ndị obodo O.P.E.C. na-eme ha, ha nahụ achọpụta ebe ụfọdụ n'akụkụ osimiri ala ha ebe mmadụ dịgasị. Ha na-echepụta ụzọ ha ga-esi na-agba ụgbọ ala n'ejịghị petrolu.

Ọ dịkwa otu ihe na-ebute ụmụ ikuku ọjọọ anyị na-ekuju n'ume a. Nke a bụ ikuku na ahụrụ ọkụ ọjọọ na-esi n'ọtụtụ ụgbọ ala ọnyụ paa juru

n'ala anyị a hụ ụgbọ ala ndị a ha na-agba ahụrụ ọkụ ọjọọ esi ha n'ike na-awụpụta na-agbaju n'ikuku anyị na-ekù. N'ala ha, ha ebidola mepụtawa ma na-anabatawa ụgbọ ala ndị na-eji petrolu nke a mere unyi na-ebute ahụrụ ọkụ ndị ahụ adịghị ya. Nke a mere na ha na-agba ụgbọ ala ndị ahụ, ha agaghị ewupụta ajọọ ahụrụ ọkụ na, usi ọjọọ anyị na-enweta n'ụgbọ ala ọnyụ paa ọ bụlagadị mgbe ụgbọ ala ha ndị ahụ kawara nka.

Ihe ọzọ makwara mma gbasara ụgbọ ala ha nke ode akwụkwọ hụchatara bụ na anaghị enwe 'go slow' nke bụ oke nkwụsị na nsụkọba nchere anyị na-enwe n'obodo ndị mepere emepe dị n'ala anyị. Ọtụtụ ihe butere nke a. Ha na-elezi ụgbọ ha anya nke ọma na a gbakata adachie ụzọ adịkebeghị na ya. Ụzọ ha mara mma. Ọkụ okporo ụzọ na-akwụsị mmadụ ma na-echekwara ha ọkụ akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ iji mee ka ha kwọlie. A naghị esi n'aka ekpe nri agbafee n'aka nri. Onye ga-aga aka ekpe, ga-agbaba n'aka nri wee si n'ụzọ gara n'elu ma ọ bụ nke gara n'ime ala wee gaa aka ekpe. Nke a meziri okporo ụzọ abụrụ vum vum akwụsighị akwụsighị. Ọ dịkwa mma ịrụtụ aka na ọ bụ eziokwu na ha nwere opi moto n'ụgbọ ala ha, ha anaghị egbu ya ọ gwụla ma ọ dị n'oke mkpa. Mmadụ nwere ike isi Owere gaa Legọs ma ya anụna ihe kariri ụda opi moto ugboro atọ ma ọ bụ anọ. A hụ onye na-egbu opi ya otu anyị si egbu n'ala anyị, a ga-eche na isi emebiala onye na-egbu otu ahụ.

Ma ọ bụchaghị na ihe niile na-aga were were dị ka n'obodo ndị nsọ mgbe ụfọdụ o na-enwe ndị ga-akpọ ibe ha isi n'ahụ. Ya mere otu ahụ ọ na-adị ka lerewe. Ụgbọ ala dị iche na-anyakọta ọnụ n'ụzọ n'otu nkeji ahụ ọkụ ha a na-egbuzi ram ram dị ka kpankpando nọ n'igwe ụbọchị urukpu na-adịghị. O mee otu a ma e si n'elu ma ọ bụ n'ala ndị uwe ojii ga-abịaru. Otu ihụ ahụ ha ewepụ ụgbọ ala ndị ahụ okporo ụzọ abụrụkwa ntụfụrụ. N'ihe niile a ụgbọ ala mụ ahụghị bụ nke otu ụkwụ na nke na-anyara onwe ya na-enweghị onye na-akwọ ya.



# 21 Ọnụ ụgbọ ala

Ụgbọ ala n'ala ha anaghị ada oke ọnụ. Ihe kpatara nke a bụ na ọ bụ n'ala ha ka a na-enweta igwe e ji akpụ ụgbọ ala ndị ahụ. Ma ọ bụrụ ndị e si n'ala ọzọ e bubata n'ala ha ha na-adatụ ọnụ ma ọ bụghị otu ha si adagbu onwe ha n'ọnụ n'ala anyị. Iji maa atụ ụgbọ ala ha ndị a di oke ogologo ma bịakwa na-añụ mmiri ụgbọ ala bụ petrolu ke ukwu ha dakarịa n'ọnụ ya abụ ihe dị ka dọla puku ise ma ọ bụ isii. Nke a bụ ihe dị ka puku naira atọ ma ọ bụ anọ. Ụgbọ ala dị ka volvo ndị e si esi na-ebubatara ha na-ada ihe dị ka puku dọla iri na abụọ nke bụ ihe di ka puku naira asaa na ụma nke bụ ọnụ pijo 505 GR n'ala anyị. Ihe na-emezi ọnụ ụgbọ ala ndị a ji ada ọnụ bụ mbulata ha na ụgwọ ndị kọstọm na-ana maka ha.

Otu ihe ọzọ bụkwa na nkpankpa na nkpankpa e ji arụzi ha gbọrọ kaị. Nke a mere ụfọdụ ụgbọ ala ji anọ ọdụ dị ka afọ iri ma ọ bụ karịa. ndị gbakata ha edowere ụmụ ha. Ụfọdụ ike gwụ ha n'ụfọdụ, ha eree ha ma ọ bụ jee otu ebe kpoo aja na ụrọ kpogide ha ruo mgbe ha chọrọ ịhụ ha ọzọ. N'ihi okporo ụzọ ọma na ịizụta n'aka ọkụ ihe e ji arụzi ụgbọ ala ọ na-adị mfe ịzụta ụgbọ ala ndị a gbarala agba n'ọnụ ego dị ka narị dọla abụọ ma ọ bụ atọ a gbaakwanụ ndị ahụ ọtụtụ oge tutu ha aghọọ adịgbọloja. N'ihi e nweghị ihe na-ala n'iyi n'ala ha, ọ bụrụ na ụgbọ ala anwụnyụchaala anya ha na-eburu okpokoro igwe ya gaa na faktrị gbazee ya ji kpụgharịa igwe ọzọ.

Ihe ọzọ na-eme bụ na ọ bụ ezi okwu na e nwere ike ịzụta ihe e ji arụzi ụgbọ ala mana dị ka n'ihe mebiri emebi ịta mmadụ ahụhụ n'ịrụzi ihe ndị ahụ na-ada eke ọnụ. Nke a mere ha ji atụfụ ihe di otu a ọ bụladị ụgbọ ala wee ga zụrụ ọzọ.

# 22 Ịsa ụgbọ ala

O nwekwara ihe na-atọ ụtọ gbasara ụgbọ ala ha. Ihe ahụ bụ ịsa ya asa. Mmadụ nwere ike ịsacha ụgbọ ala ha na-ewe oge. E nwere ike otu izu ụka a zabeghị otu ugboro. Ma onye chọọ ịsacha ya n'enyeghị onwe nsogbu, ọ gaa n'ebe igwe na-asacha ya. E ruo, a gbachichaa enyo ụgbọ ala ahụ baa n'ime ya wepụ gịa ya na gịa. Ozugbọ igwe ahụ a dọkpụrụ ụgbọ ala ahụ. Ihe a ga-ahụzi bụ mmiri na ncha na-aga n'elu, n'akụkụ na okpuru ụgbọ ala ahụ wa wa wa na sam sam sam. Ka a na-adọpụtacha ụgbọ ala ahụ, ọ ghọọlarị ihe a sachara nke ọma ma kọọkwanụ. Ọ hụrụ na ihe unyi di n'ime ya, o nwere rọba na-amịchasị unyi ga-abụ a dọrọ ya tinye ọnụ ya n'ime ụgbọ ala ahụ ọ dọkọchara unyi ahụ a mịfuzie ya n'ezi n'ime bọketi a na-atụnye ihe unyi.

Ihe ndị a a na-akọ anaghị ewe oge. O wekarịa sị hapụrụ ya ihe dị ka nkeji iri abụọ. Ihe ndị a mere a hụ ụgbọ ala a gbachara ebe ahu ọ dịcha ka ọ dị ndụ na ọcha.

Ọ bụ eziokwu na ụgbọ ala dị n'ala ha dị ọtụtụ nke ha nwere ụzọ ha si na-akwụsị ma na-edebekwa ha. A bịa n'ebe a na-ekwe ka a dọwa ụgbọ ala, ha dọwachaa ya a na-asị ma ọ bụ rula ka e ji tụọ akara ebe ha dọwara ha. Ọ bụghị ebe ọ bụla ka onye ọ bụla nwere ike ịkwụsị ụgbọ ala ya ma dọwakwa ya. A bịa n'ebe ụlọ ọrụ ma ọ bụ ahịa nọ e nwere ebe a kabịchara ihe ma n'akụkụ ya e nwere mita. Onye kwụsị nke ya o jee ebe mita ahụ nọ tụnye ego. N'ebe ụfọdụ ọ na-abụ ihe dị ka senti iri abụọ ma ọ bụ karịa dị ka onye ahụ chọrọ ịnọ nkeji iri atọ ma ọ bụ otu onye ahụ chọrọ. Onye tụnye ego ya ọ higharịa mita ahụ o bido gụwara onye ahụ. Ọ bụrụ na onye dị otu a anọfee mita agụfere ọnye ahụ, ihe a ga-ahụzi bụ ebe e dere 'violation' nke gosịrị na onye ahụ adaala iwu.



O nweziri ndị ọrụ ha nke ka nke ndị agadi nwaanyị na-esekpụ akpa ha n'aka na-ahụ maka mita ndị a. Ha hụzie ụgbọ ala nọfere, ha edee ego nha ole onye ahụ ga-akwụ tapawara onye ahụ n'ụgbọ ala ya. Ọ bụzị ọrụ na oke onye ahụ ịga ebe ọ ga-akwụ ụgwọ a kwụọ ma ọ bụ dee cheki zigara ndị ahụ. Onye ahụ emeghị otu ahụ, ebe uwe oji agaghị ana gị ego aka azụ ma ọ bụ ngarị ọ bụla. Kama iwetu onwe ha maka nke a, a rịọ ha, ha agbahara onye ahụ.

E wepụ ịdọwa ụgbọ ala n'akụkụ okporo ụzọ n'ebe kwesịrị tutu a rụọ ụlọ ọrụ ma ọ bụ ụlọ aku ma ọ bụ ụlọ ebe ọtụtụ mmadụ na-abịa, ha ga-ebu ụzọ chepụrụ ebe a ga-na-adọwa ụgbọ ala. Ụfọdụ na-arụrụ nke ha ụlọ n'ime ala ma ọ bụ n'elu dị ka e nwere n'ụfọdụ ebe n'Ekoo ugbu a. Nke mita a kwa nọ n'akụkụ 'Kingswy' na 'Broad Street' Lagos anyị mana e jiwebeghị ya kpọrọ ihe. Onye na-agbabazi n'ime ebe a a na-adọwa ụgbọ ala tutu madụ agaa mesịa ihe ọ na-eme ga anata tiketi na mbido. Mgbe ọ ga-apụ a ga-elezi na nkeji ma ọ bụ awa ọ nọrọ ma si otu ahụ mee ka onye ahụ kwụọ ego ole kwesịrị ya.

Otu ije e ji e wepụrụ ha aka bụ na ha na-ahụ na ha menyere onye ọ bụla. A bịa n'ebe a na-adọwa ụgbọ ala ndị a ha na-ahụ na a hapụrụ oghere ndị bụ ụzọ ebe dị ọrụ ahụ dị iche iche iche nwere ike ịdọwa ụgbọ nke ha tutu ndị ahụ zuru oke, isi dị mma ga-anwa anwa dọwa ụgbọ ala nke ya ebe ahụ ọ bụladị ma oghere niile gwụchaa. Nke a bụ ezigbo ọzụzụ na mmadụ imenyere ibe ya. N'ihi ihe ndị a o mere ka ụgbọ ala na-agba were were. Ọ ga-adị mkpa ka ndị ala anyị mụta nke a wee mee ka ndị na-akwado ka e wuo ụlọ hụ na e nwere mbasa ebe a ga-adọwa ụgbọ ala ma ọ bụ n'akụkụ, n'ụzọ, n'elu ụlọ ma ọ bụ n'ime ma ọ bụ n'okpuru ụlọ.

O nwekwara ụgbọ ala dị iche iche e ji ebu ibu. Ụfọdụ bụ gwongworo ndị ọrụ bụ ihe dị ka pikọọp. Ha dere ụfọdụ dị otu a 'U HAUL' nke pụtara 'you haul' ya bụ buru ya n'onwe gị. Ọ bụrụ na mmadụ na-akwọ gwongworo ya aga obodo ọzọ, onye ahụ ga-eje gbaziri otu n'ime ndị a kwajuo ngwongwo ya were ụgbọ ala ha a manye ma ọ bụ dụkwunye n'ọdụ ụgbọ ala nke onye ahụ, onye ahu ga-eburuzia ngwongwo ya bulaa tọpụ ụgbọ ala ahụ, kpọọ ndị nwe ya na foonụ ha abịa buru ụgbọ ala. Ọ bụ otu a ka ha si wee mee ndụ ha ọ na-agara ha.

# 23 Okporo ụzọ ha

N'onye na-eje mba ihe mbụ na-amasịkarị onye ahụ ihụ ma n'ịga n'ime ya bụ okporo ụzọ mba ahụ. E wezụga ụzọ ndị a anyị na-akpọ ụzọ ntụfụrụ – 'Express way' nke a na-ewu n'ala anyị ugbu a dị ka nke si n'Ibadan na Steti Oyo ruo Legos, anyị enwekebeghị ụzọ dị mma kwụrụ ọtọ a ruziri nke ọma dị ka nke e nwere n' America. Ha na-akpọ ya 'haịwee.'

Okporo ụzọ ha niile kere abụọ aka ndị na-aga aga na aka ndị na-alọta alọta. N'ọtụtụ ụzọ a bịazie na nkewa ndị na-aga aga na nke ndị na-alọta alọta, e kewakwara ya nga atọ nke mere na ụgbọ ala atọ ma ọ bụ anọ ma ọ bụ isii n'ebe ụfọdụ na-aga lewa ihu otu ebe. Ndị na-alọtakwa alọta adịkwa otu ahụ.

A bịa na nkewa ụzọ ndị aka nri na aka ekpe n'ọtụtụ ebe a naha e ji ihe igwe wara wara dochie ya aka abụọ. N'ụzọ ha e meghị ya ka onye si n'aka nri gbafee n'aka ekpe. N'ala anyị a na-eme otu ahụ nke na-eme ka ụgbọ ala ndị na-agba n'okporo ahụ kwụsirịla onye na-aga aka ekpe. E chefula na nke a na-ebutakarị ọghọm nke ụgbọ ala ụfọdụ ịkpọ onwe ha ihu kpọkasịa. E nweghị nkwụsị n'okporo ụzọ ntụfụrụ ha. Ọ gwụla ma ọ nwere onye nwere nsogbu. Dị ka e si kwukwa n'ụgbọ ala onye ga-aga aka ekpe site n'aka nri ga-apụ n'ebe ụzọ dịkwa n'aka nri ma si n'ime ala ma ọ bụ n'elu gbaa gburu gburu wee gafee aka ekpe ahụ ọ chọrọ ịga. Ọ dịghị ụlọ na-adị nso n'aga okporo ụzọ. Ma ndị mmadụ na-ebigasị nso ọhịa ndị kewara okporo ụzọ awara awara ha. Onye na-agba n'okporo ụzọ ha chọọ ịpụ ma ọ bụ gaa otu obodo ma ọ bụ ebe ọzọ mmadụ bi onye ga na-ele anya ịhụ notisi e dere maka ebe ụzọ pụrụ na aha obodo dị iche iche.

Okporo ụzọ ha na-akwụ kwekem ma dị larịị. Ihe unyi anaghị adị na ha n'ihi na e nwere ụgbọ ala e ji aza ha n'ịsi ụtụtụ n'isi ụtụtụ. A naghị achọ, ma ọ bụ ekwe ka ihe unyi dị n'okporo ụzọ ha otu o si dịkwa ha mkpa ịhụ na ihe niile ha na-emetụ ahụ n'ụzọ ọ bụla dị ọcha. N'ebe ụfọdụ a hụta ụgbọ ala nke ihe si n'ime ya dapụ ma ọ bụ e si n'ime ya tụpụ ihe ọ bụla e jide draịva na-anya ya bụ ụgbọ a na-eme ka o kwụọ nha.

Ebe ụfọdụ okporo ụzọ ha na-adị n'elu dịrị n'ala, nke tren adịkwa n'etiti ha. A na-agafe akwa mmiri a naghị amata mgbe ụfọdụ n'ihi na ha dị obosara. I si New York garuo Washington bụ isi obodo Amerịka a na-agbafe ebe okporo ụzọ dị ogologo gara n'okpuru mmiri. Nke a bụ ihe a na-akpọ tọnel. Okporo ụzọ agasịa n'okpuru mmiri akwa mmiri agaa n'elu mmiri ahụ, okporo tren abịakwa dịkwa n'elu ya. E lezie anya ma ihe niile ndị a na-agba otu oge a na-ajụzị ma ọ bụ Chineke rụụrụ ndị a ihe ndị a, ma ọ bụ ụbụrụ isi mmụta na nchọpụta ka ha ji mee ma na-echepụtakwa ụzọ ndị ọzọ na ihe ndị ọzọ ha ga-eme. Akwa mmiri ha na-abụ sọ igwe. Ha rụọ, ha arụchaala. Ha na-arụ maka echi na ụmụ ụmụ ha.

A ga na-ajụkwanụ sị kedụ ka ha si enwetacha ego ha ji eme ka okporo ụzọ ha dị mma? Ha na-akarị ụtụ n'ụzọ ha dị ka anyị si nabuo n'alwa mmiri Naịja jikọrọ Ọnịcha na Asaba na ka e si ana ugbu a n'okporo ụzọ awara awara nke si Ibadan ruo Legos. Ha na-akpọ ebe a a na-akwụsị ụgbọ ala niile na-ana ha ụtụ 'tool gate' ya bụ ọnụ ụzọ ụtụ iji maa ụtụ site na New Haven dị na Connecticut ruo New York dị maịlị iri asaa na isii, ọ dị ọnụ ụzọ ụtụ ụdị a ise. N'abụọ n'ime ha a na-akwụ senti (ego Amerịka) iri abụọ na ise (ihe dị ka kọbọ iri abụọ anyị). N'otu a na-akwụ senti iri anọ. Na nke ọzọ a na-akwụ senti iri asaa na ise. Na nke ikpe azụ tụtụ a banye New York a na-akwụ otu dọla, tutu madụ eruwe ebe ahụ, a na-amara ya ọkwa sie na notisi ha na-etinyegasị iji gwa onye ahụ ka ọ dịba na njikere itụ ụtụ a. Ọnụ ụzọ ụgbọ ala si aga n'ebe a a na-atụ ụtụ n'otu ebe dị ụzọ iri na anọ. O nwere ebe obere ụgbọ ala si aga, nwee nke ndị gwongworo na trela. A bịazikwaa ọ bụrụ na mmadụ ji ururu ego ga-ezu n'otu ebe dị ka ọ bụrụ ebe a ga-akwụ senti iri abụọ na ise, ọ bụrụ na onye ahụ ji ya nke bụ na ọ gaghị achọ chenji, ọ ga-esi n'ọnụ ụzọ ebe e dere 'exact change'. Ma onye ahụ ejighị ego nke na ọ ga-achọ chenji o nwekwara ọnụ ụzọ ebe ọ ga-esi e nye onye ahụ chenji tutu ọ gafee.

N'ọnụ ụzọ ebe a a na-anaghị achọ ma ọ bụ e nye chenji o nwere akpa igwe e kowere n'aga ụzọ ya. Ọ nwekwa mpata osisi nọchiri ọnụ ụzọ ha nke mere na onye ụgbọ ala ọ bụla ga-enye nsọpụrụ ruo mgbe o weliri onwe ya elu onye ahụ agafee. Ọkụ okporo ụzọ maka ndị ụgbọ ala dịkwa ya. Ọ na-achaa ọbara ọbara nke na onye ahụ ga-akwụsị wepụta ego ya. E tinye ego zuru ezu na-abụghị kantafiiti n'ime akpa igwe ahụ, ọkụ ahụ achaa nke akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ mpala osisi ahụ ma ọ bụ igwe ewelie onwe ya elu onye ahụ agafee ya adachiekwa ma ọkụ echebekwa ọbara ọbara maka onye ọzọ. Ma onye tụnye ego ya n'akpa igwe ahụ, ozugbo ọ daruru ọ bụrụ na ego ahụ ezughị ma ọ bụ na ọ bụ kantafiiti mashin ahụ ga-agbachi onye ahụ nkịtị. Ọkụ ọbara ga na-enwukwa mpala osisi akalaka ma ọ bụ igwe ahụ tụchiri ụzọ ga-anọkwa chịm dị ka dinta chere anụ, ma ọ bụ dị ka onye uwe ojii guzoro kwekem na-eche onye isi ya. Ma e mezie ya ya ewelie isi ya dị ka onye na-egbuchara ọchị agha ka ya.

Ma onye jide ego ọ ga-agbanwe agbanwe, o site n'ebe mmadụ nọ ga-enye ya chenji tutu ọ gafee. Onye tinyere ego ọjọọ **ma** ọ bụ ego ezughị ezu agaghị agbafe. Ma onye ahụ nwaa anwaa **mee** ya **n'ike**, igwe ụtụ ahụ ga-akụgide onye ahụ mgbịrịgba na-adachi ntị nke **ga-eme** ka n'atụfughị oge onye uwe ojii awụchielarị. Onye uwe ojii gbakwute onye ahụ, ọ ga-eme ka onye ahụ kwụọ ezigbo nha ma ọ bụ a kpọpụta ya n'ụlọ ikpe.

Okporo ụzọ ha na-ekpo ọkụ n'uchichi n'ihi ụgbọ ala dị ka ọ si ejupụta n'ụgbọ ala n'ehihie. Emere m ka m jụọ ụgbọ ala ole na-agafe na nkeji ise, ma agụkatara m anya ajụ agara ibu m ya agbagwojuo m anya mụ ahapụ. Nke a ga-egosi ụdị ihe m na-ekwu maka ọnụ ọgụ ụgbọ ala na-agba n'okporo ụzọ ha.

A gaghị ekwucha ihe gbasara okporo ụzọ ha ghara ikwu ihe ole na ole ga ya na okporo ụzọ na-eso. Otu n'ime ha bụ ụlọ petrolu nke ha na-akpọ 'gas station'. Ụlọ petrol dịcha nso n'okporo ụzọ awara awara mana ọ dịghị nso nke otu ahụ otu nke anyị si dịkazị nso. A na-agba n'ụzọ ha, a na-eji saịnbọdụ egosị ndị moto ebe ụlọ petrolu dị. Ha na-ejikwa otu aka ahụ site n'ise fọọkụ na mma egosị ebe ụlọ nri dị/ulo petrolu na ụlọ nri ndị



a anaghị ete aka site n'otu ruo n'ibe ya. Madụ nwekwaranụ ike iji ego ma ọ bụ cheecki zuru petrolu n'enweghị nsogbu ọ bụla. Onye ahụ ejighị nke ọ bụla n'ime abụọ ndị a, o nwere ike iji akwụkwọ ikikere ịzụrụ ihe nke ọ ga-anata n'ụlọ akụ wee zụrụ otu ọ chọrọ.

Ọ dị otu ihe ọzọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka gbasara okporo ụzọ ha. Nke a bụ na ha na-ede ihe kwesịrịka ụgbọ ala na-agba na ntụfụrụ. N'ọtụtụ steti n'ala ha ụgbọ ala agaghị agbafe ihe karịrị maịlị iri ise na ise n'otu awa ya bụ kilometa iri asatọ na asatọ n'otu awa ma ọ bụrụ n'ala anyị. Ma ọ dị ụgbọ ndị nwere ike igbafe otu a, ụgbọ ndị ahụ bụ nke ndị uwe ojii, nke ndị ụlọ ọgwụ a na-akpọ 'ambulance' na nke ndị na-emenyụ ọkụ. Ọ bụrụkwanụ na ụgbọ ndị agbawa, onye ọ bụla na-enye ha efe ha agbafee. Ndị uwe ojii nwekwara redio, telefoonu na reda ha ji ama otu onye ụgbọ ala ọ bụla ji akwa ntụfụrụ. Onye gbakarịa ha chụọ onye ahụ ọnwụ ọnwụ gbachibido onye ahụ ihu ịkwụsị ya ma daakwanụ onye ahụ nha ma ọ bụ kpọpụ ya n'ụlọ ikpe.

Mgbe ụfọdụ onye na-agba akwụsịghị akwụsị ha nwere ike ọ bụrụ na redio dị n'ụgbọ ala onye ahụ ha emenyụọ ya si ebe ahụ gwa onye ahụ, okwu ka ọ kwụsị ma ọ bụ mee ihe ha ga-agwa onye ahụ. Onye kwụsị otu ahụ, ha anaghị apụta gịdewe onye ahụ. Ihe ike a ji dị otu a bụ na ọtụtụ mmadụ bu egbe ha na-agagharị. Onye uwe ojii chọrọ igide otu ahụ, ha ga-asị onye ahụ pụta. Ọ na-apụta ha na-ele ya ma manye aka n'akpa azụ ha ebe egbe ha dịkwa. Onye ahụ mee nke oke nwamanya ha nwere ike ịgbada onye ahụ. Ma ha lesịa onye ahụ ma ọ dịghị ihe o ji ha werezie nwayọọ pụta gadịde onye ahụ. Na Steti ụfọdụ onye ji otu maịlị gbakarịa ọ kwụọ nha dọla ise maịlị iri ọ kwụọ dọla iri ise. Ihe ndị a ha ha-eme bụ ijii chedo ndị mmadụ. Onye nụrụ mmanya anaghị agba n'okporo ha. O nwee ihe mere a na-ebu ụzọ lee ume onye ahụ na-ekupụta. Ume ahụ sie mmanya mmanya onye ahụ efuola. E leghị anya tutu iri afọ ise taa anyị ga-eru ọnọdụ ha nọ taa?

# 24 Telefoonu

O nwere ọtụtụ ihe na-enye obi ụtọ na ọñụ mmadụ na-enwe n'ụlọ ọrụ ya ma ọ bụ n'ọfịsị ọ bụla ma ọ bụ ulọ ebe mmadụ bi. Otu n'ime ihe ndị a bụ telefoonu. Tutu a lụọ agha n'obodo anyị ndị e nwere enwe na-aga were were. Ikekwa ọ ga-abụ na ndị ọrụ mgbe ahụ na-eji obi Chineke arụ ọrụ. Anyị mazịnụ otu ọnọdụ nke a dị ugbu a. Otu ihe dị mma na nke ugbu a bụ na a naghị achọkwa ikikere onye a na-akpọ ọparetọ tutu mmadụ a na-enweta onye a na-achọ ịgwa okwụ. Mana ọ bụladị na ọ dị otu a tutu e si n'Imo nweta Lagos ọtụtụ oge ọ dị ka e siri n'ọkụ. A kpọọ, a sị na ụzọ Lagos enweghị ọgịga. Ọ na-adị otu a na Lagos ma ya fọdụzịa inweta obodo ọzọ gafere Lagos.

N'ala Amerịka telefoonu dịzị ka ihe egwu. N'ebe ahụ ọ bụ ezigbo odibo ha, ha ji mere ọga ozi oge ọ bụla. A naghị anụ na ụzọ adịghị ọgịga n'ime ya. Ị kpọraa onye ọ bụla, ị nwetala ihe ị chọrọ. Ọ nọ na tebulu ụlọ ọrụ ọ bụla. Ọ dị n'ulọ ọ bụla chọrọ ya. Onye enweghị chọọ, ọ naghị anọ-karịa otu mkpụrụ ụbọchị onye ahụ enweta ya. Ụfọdụ na-enwezu ọtụtụ n'ime ọnụ ulọ ha ọ bụ tinyere n'ebe ha na-anọrị oge ha.

Otu o si dị n'ala ha, telefoonu na-eme ihe ọ bụla, ọ gwụla ịsị telefoonu were nri tinye ha n'ọnụ. Ha na-eji ya akpọ ndị uwe ojii, ndị ulọ ọgwụ, ndị na-egbochi ọgbụgba ọkụ. Ha na-eji ya azụ ahịa, akpọ ndị nri e butere ha nri. Ha na-eji ya akpọ maka ihe ọ bụla dị mkpa. Mmadụ na nwanne ya nwere ike biri n'ala ahụ n'ihe karịrị puku maịlị ma kwa ụbọchị ha na-anụrịta olu ha site na foonu.

Onye na-enweghị foonu n'ụlọ ya ahịa aghọchaghị ya. Ha nwere ulọ foonu n'ọtụtụ ebe tinyere n'okporo ụzọ, ebe a na-eme nri na petrolu na ebe izu ike. Onye jirila ike ruo ebe ahụ tinye senti iri (ihe dị ka kọbọ asaa anyị) mạ ọ bụ otu a chọrọ dị ka ebe ahụ sị tee aka, onye ahụ ekwuola okwụ.



Onye na-ejighikwanụ ego nwere ike ịkpọ onye ọ na-akpọ gwa onye ahụ ka ọ kwụọ ụgwọ. Nke ahụ ka ha na-akpọ 'Kọlekt Kọọl'.

Mana ebe ihe ọma dị ebe ahụ ka ihe ọjọọ dịkwa. Oge ụfọdụ ha na-esi na foonu amara ebe onye ha chọọrọ inweta ma gbuo ya nnọ o. Oge ụfọdụ ha na-esi na foonu emenye mmadụ ha chọrọ egwu. Kama na ihe ọma ha ji foonu eme karịrị ihe ọjọọ ha ji ya eme. Mgbe ode akwụkwọ na-agagharị na-azụ ihe n'ọtụtụ shọpụ o mesịrị chefuo akpa ya n'otu n'ime ha. Ọ bụ site na foonu ka o si chọta ya ma jụta ulọ ahịa ebe akpa ahụ o chefuru nọ kpọm kwem. Nke a mere ọtụtụ mgbagharị n'ụgbọ ala na ije be mmadụ ọ nọghị ya adịkebeghị n'ihi na tutu mmadụ ejee be ibe ya ọ na-ebukarị ụzọ kpọọ na foonu mara ma onye ahụ ọ nọ n'ụlọ. Ọrụ ha ji foonu arụ ebuka.



*Nkem na-aza telefoonu*

# 25 Bankị

Dị ka obodo ji ọtụtụ akụ na ụba ha nwere ọtụtụ bankị ma ọ bụla ụlọ akụ dị iche iche. Ọ dịghị bankị ọ bụla nwere aha na-anọghị n'ala ha ma ọ bụ 'First Bank', 'Colonial Bank', 'Barclays Bank', 'Chase Manhattan Bank', 'Union Bank' na ọtụtụ ndị ọzọ.

Site n'otu isi okporo ụzọ ruo na nke ọzọ e nwere ike inwe otu bankị ma ọ bụ karịa. Iwere ego na itinye etinye anaghị ewe ọtụtụ oge. Onye nọkarịa n'ime bankị ha n'iwe ma ọ bụ n'itinye ego ọ nọọ nkeji ise ma ọ bụ asaa onye ahụ esere akpa ya pụọ. Amaghị m ihe onye ahụ ga na-emekwanụ ịnọfe nkeji iri n'ihi na ha nwere ọtụtụ bankị ndị a ọtụtụ mmadụ anaghị anyakọba isi n'otu n'ime ha otu mgbe. Nke ọzọ kwanụ ndị na-arụ ebe ahụ anaghị anọdụ ala ma ọ bụ zuo ike ruo mgbe ha hụrụ na ha ahụchaala onye ọ bụla bịaranụ. Onye ọ bụla bịara na-anọdụ n'ahịrị. A maghị onye ukwu. A maghị onye nta nke a na-ele mmadụ anya n'ihu. A na-anabata onye ọ bụla dị ka oge onye ji bịa na onye ọ bụla nọ n'ahịrị mgbe o ruru onye ahụ. A nọsịa n'ahịrị a ọ naghị ara ahụ ha ahụsịa onye ọ bụla. Ihe mbụ ha na-asị onye bịara bụ 'Can I help you' nke bụ 'O nwere ihe m ga-emere gị'. Onye ahụ ga-asị ha 'sure' ya bụ 'ee' o nwere.' N'atụfughị oge onye ahụ ha ga-emere onye ahụ osiịsọ/onye ahụ alawa. I kelee ha 'thank you' ha asị gị 'you are welcome' nke pụtara na ha ga-anabatakwa gị ma ị bịa ọzọ. Ha na-ejikwa ihu ọchị ma ọ bụ ihu yiri ihu ọchị anabata onye ọ bụla iji wee mee ka onye ahụ na-abịakwa oge ọzọ.

Ihe butere nke a bụ na ọtụtụ ụlọ akụ ọ bụladị ụlọ ọkụ na miri na akụkọ bụsị ndị mmadụ n'otu n'otu inwe ha. Ha abụghị nke gọmenti nke a na-arụ dị ka ọrụ oyibo. N'ụlọ akụ ndị a ka onye si rụta bụ ka e si lezie ya anya. Onye arụghị otu a chọrọ ha achụọ ya.



Otu ihe ọzọ dị mma maka bankị ha bụ na mmadụ nwere ike ịkwụnye ụgwọ ya ma ọ bụ dọrọ ego ya n'abaghị n'ime ụlọ bankị ahụ. Nke a ka ha na-akpọ 'drive through'. Ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ ga-anọdụ n'ụgbọ ala ya gwa ha ihe ọ chọrọ, tutu ya eruo n'ebe ngwụsị ụlọ ahụ ha emeere onye ahụ ihe ọ chọrọ ọ kwọpụ lawa, onye ọzọ anọchie. N'ụzọ dị otu a ije na bankị abụrụ ihe ihu ọchị na mmasị ọ bụghị nke a nọwa a na-atụfu oge.

Mgbe m nọ ebe ahụ o nwere otu enyi m si na steti ọzọ ziteere m cheeki. Mgbe m gara n'otu bankị ije were ya, ọ dịghị onye jụrụ m onye m bụ onye nyere m ya bụ cheeki. Onye ahụ nyere m cheeki e nweghị ego ọ bụla o tinyere na bankị ahụ mana o rụghị nkeji anọ ha enyela m ri ego ahụ mụ añụrịa pụọ n'ihi na ha ma naka ga-ewetarịrị ego ahụ.

O nwekwara ụzọ ndị ọzọ dị mfe mmadụ si enweta ego ya osiịsọ nke m na-elebazịchaghị anya. Mana ihe dị ụtọ bụ na ha ji kọmputa nke ha ji eme ọtụtụ ihe, ama otu ego mmadụ si kwụrụ. Nke a anaghị atụfu otu nkeji. Ha matazie ya n'atụfughị oge ha enye onye ahụ ego ọ chọrọ dịkwa ka ha sị ama ma na-emekwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị ka itinye aha mmadụ n'ụgbọ elu na ihe ndị ọzọ ga. Ana m atụ anya na otu a ewetewarala ụdị kọmpụta a na Lagos na a ga-ejisie ike mee ka ọ kwụrụ ma zuokwa na steti na bankị ọ bụla. E mee nke a ahụhụ anyị na-ata ịnọ ọtụtụ awa na nlelị na natramahụhụ na mkparị a na-anabata n'aka ndị ọrụ bankị ga-ebeleta. Nke a ga-eme ka anyị gharazie iji 'anya mmiri' na ịta ikikere eze aga na bankị ma mee ka ọ bụrụ egwu nwa nkịta na nne ya.

## 26 Ọkụ Na Mmiri

Ọ dị ihe atọ anyị ma ji ndụ. Nke mbụ bụ ikuku, nke ọzọ bụ mmiri ebe nke ọzọ bụ nri. E wezụga mkpụrụ osisi anyị na-eri na ndụ, ọtụtụ ihe ọzọ anyị na-eri a na-esi ha esi. E siela nri bụ na e ji ọkụ. A na-ahụ ụzọ bụkwa na ọku di. N'ala ha na oyi ejighị mmadụ kwọsịa aka bụ na ha na-enweta ... Na ụgbọ tren ha, na nde igwe ha dị iche

... ọ nwa
... gụfee

... nọ awa
... yụ nke
... na-agba
... lu ma ọ
... er' nke
... , rie nri
... ọ mmiri

nd...
na ha ...
A maghị ...
A na-anaba...
mgbe o ruru ...
ọ bụla. Ihe mbụ h...
ihe m ga-emere gị ...
N'atụfughị oge onye a...
I kelee ha 'thank you' ha ...
anabatakwa gị ma ị bịa ọzọ. ...
ọchị anabata onye ọ bụla iji we...

Ihe butere nke a bụ na ọtụtụ ụlọ ...
bụsị ndị mmadụ n'otu n'otu inwe ha. ...
arụ dị ka ọrụ oyibo. N'ụlọ akụ ndị a ka ony...
Onye arụghị otu a chọrọ ha achụọ ya.

...a steti
...a nleli na
...ga-ebeleta.
...ere eze aga na

89



## 27 Nri Ha

Ndị Amerịka na-eri nri nke ukwu. Ha nwekwara ọtụtụ nri dị iche iche ma na-erikwanụ nri ha otu dị ha mma. E nwere ụlọ ndị dị iche iche nke aha ha bụ ihe a ma ama. Ụfọdụ n'ime aha ụlọ nri ha ndị a na-adịkarị n'okporo ụzọ ma n'ebe a na-ere petrolu bụ ndị a:

Burger King
Macdonalds
Ginos
Wendys
Walter Crunkite CBS

N'ebe a a na-ere nri, mmadụ nwere ike baa goro nri ya rie ebe ahụ sachaa ọnụ ya pụta. Onye chọọkwanụ ya anọdụ na 'draịva tru' ya bụ nke a na-anọ na moto e buteere oye ahụ ọ kwụọ "ugwọ buru lawa na-eri n'ụzọ ma ya chọọ. A baa n'ụlọ nri ndị a dị ka n'ebe ha niile a na-akwụrụ n'ahịrị n'ahịrị ha na-eresi onye ọ bụla ihe ọ chọrọ. A bịa ha nwere bọọdụ ebe e degasịrị ihe ha nwere na ọnụ ego ha. Onye na-akpọ ihe ọ chọrọ nwata nwaanyị ọ na-agwa nke a a na-ekwu ya na maịkrofoonu onye nọ na nakichin a na-achịkọta ha na-akwadosi. Ebe ahụ onye ahụ na-ekwunye okwu mashini nọ ebe ahụ onye na-eresi ya ihe a na-apị aka a na-egosị onye na-azụ azụ ego ole ọ kpọrọla ka onye ahụ na-akpọsị, e burule nri ya na tre bunye ya ọ kwụọ ụgwọ jee nọdụ ala pịriwa nri ya. E risịa onye ahụ ejee n'igwe ebe a na-atụnye ihe unyi, dụtụ ya ụkwụ o kwuhee onye ahụ atụnye ngwongwo niile ahụ ebe ahụ. Onye ahụ agabazie n'ọnụ ụlọ ebe ọ ga-asa aka ya na ọnụ nke mmanụ na-esi isi dị ụtọ nọ na ya. Onye chọọkwa iga mee pu pu, ọ gaa ma mechasịa ihu ya na aka ya, sie usi ọma

## 26 Ọkụ Na Mmiri

Ọ dị ihe atọ anyị ma ji ndụ. Nke mbụ bụ ikuku, nke ọzọ bụ mmiri ebe nke ọzọ bụ nri. E wezụga mkpụrụ osisi anyị na-eri na ndụ, ọtụtụ ihe ọzọ anyị na-eri a na-esi ha esi. E siela nri bụ na e ji ọkụ. A na-ahụ ụzọ bụkwa na ọkụ dị. N'ala ha na oyi ejighị mmadụ kwọsịa aka bụ na ha na-enweta okpomọkụ site n'ọkụ eletriki. Na ụgbọ tren ha, na nde igwe ha dị iche iche ha ji arụ ọtụtụ ọrụ na-aga were were, n'ihi na ha nwere ezigbo nwa odibo nrube isi bụ eletriki. Ya bụ n'ebe a na-agụnye nri ma ọ bụ a gụfee nri a gụnye ọkụ dị ka ihe ji ndụ mmadụ.

N'ala ha ọkụ na mmiri, n'ụzọ ha ji mee ha bụ kpoo. Ha na-anọ awa iri abụọ na anọ nke na-eme otu ụbọchị. Ọkụ ha adịghị anyụ anyụ nke mmiri ha na-akwụsị ọgbụgba. Ọ bụladị ụlọ elu ha kacha elu miri na-agba ebe ahụ zaa dị ka o si agba n'ụlọ ala. A naghị ama ma ụlọ ọ dị elu ma ọ bụ ọ dị ala. Dị ka m si kwu maka njem m na 'World Trade Center' nke bụ ụlọ ụkwụ ya dị nari na asaa, anọrọ m ebe ahụ kpọọ na foonu, rie nri ma gaakwa na taapụ mmiri gbaghee ya ọ na-awụ zim zim wee ñụọ mmiri ebe ahụ.



## 27 Nri Ha

Ndị Amerịka na-eri nri nke ukwu. Ha nwekwara ọtụtụ nri dị iche iche ma na-erikwanụ nri ha otu dị ha mma. E nwere ụlọ ndị dị iche iche nke aha ha bụ ihe a ma ama. Ụfọdụ n'ime aha ụlọ nri ha ndị a na-adịkarị n'okporo ụzọ ma n'ebe a na-ere petrolu bụ ndị a:

- Burger King
- Macdonalds
- Ginos
- Wendys
- Walter Crunkite CBS

N'ebe a a na-ere nri, mmadụ nwere ike baa goro nri ya rie ebe ahụ sachaa ọnụ ya pụta. Onye chọọkwanụ ya anọdụ na 'draịva tru' ya bụ nke a na-anọ na moto e buteere oye ahụ ọ kwụọ "ụgwọ buru lawa na-eri n'ụzọ ma ya chọọ. A baa n'ụlọ nri ndị a dị ka n'ebe ha niile a na-akwụrụ n'ahịrị n'ahịrị ha na-eresi onye ọ bụla ihe ọ chọrọ. A bịa ha nwere bọọdụ ebe e degasịrị ihe ha nwere na ọnụ ego ha. Onye na-akpọ ihe ọ chọrọ nwata nwaanyị ọ na-agwa nke a a na-ekwu ya na maịkrofoonụ onye nọ na na kichin a na-achịkọta ha na-akwadosi. Ebe ahụ onye ahụ na-ekwunye okwu mashini nọ ebe ahụ onye na-eresi ya ihe a na-apị aka a na-egosị onye na-azụ azụ ego ole ọ kpọrọla ka onye ahụ na-akpọsị, e burule nri ya na tre bunye ya ọ kwụọ ụgwọ jee nọdụ ala pịriwa nri ya. E risịa onye ahụ ejee n'igwe ebe a na-atụnye ihe unyi, dụtụ ya ụkwụ o kwuhee onye ahụ atụnye ngwongwo niile ahụ ebe ahụ. Onye ahụ agabazie n'ọnụ ụlọ ebe ọ ga-asa aka ya na ọnụ nke mmanụ na-esi isi dị ụtọ nọ na ya. Onye chọọkwa iga mee pu pu, ọ gaa ma mechasịa ihu ya na aka ya, sie usi ọma

ma pụtawa.

Nri ha niile ọ dịghị nke a na-eji nkịtị na-apịtọ dị ka ebe ụmụ nwaanyị ala anyị na-ere akara ma ọ bụ shuya nke ọtụtụ mmadụ ji atata ọtụtụ urughuru ọrịa afọ. Ha na-afụghịcha ha nke ọma site n'enyemaka igwe dị iche iche. Ha na-agbanye miliki na ahụmahụ niile n'iko akwụkwọ mechie nke ọ na-abụ onye ṅụchaa ya atụnye n'igwe ebe unyi na-adị. Ha na-anọkwa site n'edemede na-ano n'ahụ iko hà ka onye ọ bụla nye aka dowe America ọcha. Fọọkụ na ngaji ha na nnu na shuga ma ose ~~a na~~ anafuchicha ha akwụkwọ na-ahụ ụzọ. Onye nwetezie nke ya, ya atọpee ji rie nri. Onye richaa ya atụba n'igwe unyi.

Ụdị nri dị iche iche a na-ahụ n'ụlọ ahịa nri ha na-akpọ 'Grocery shop' dị ọtụtụ. Onye bara n'otu n'ime ha ga-ahụ nri ndị a n'aha Bekee:

Orange
Grape
Lemons
Limes
Apples
Peaches
Prime plums
Nectrines
Pepper (red, hot, green)
Corn
Lettuce
Water melon
Beets
Carrots
Curliflower
Green squash



Eggs
Egg plants
Collard green
Mustard
Turnips
Banana
Batata calabanza (ukoro)
Maize
Plantain
Onion
Yams
Potatoes
Galic (ụgbọghọrọ)

Ụdị ụlọ ahịa na-aha ihe dị ka ụlọ Kingsway nke dị na Lagos. Anu dị iche iche na-adịkwa na ha ya na ụmụ ihe ndị ọzọ nwere aha a na-eri eri. Onye bata na ha, ha na-ajụ ezigbo oyi nke ga-eme ka ụmụ akwụkwọ nri na ihe ndị ọzọ dịkwa mma otu kwesịrị tutu e repụ ha. Miliki ha na mkpụrụ osisi niile na mmiri ha a na-aṅụ aṅụ na-anọcha na nnukwu iko akwụkwọ. Onye bịa ọ zụrụ ndị ọ chọrọ.

N'ụfọdụ shọpụ ndị a ha nwekwara mashini ọkụ na-eri ego nke nwere ụmụ ihe ha bụcha n'ime ha a na-ere ere dị ka ndị a:

Cigarettes – Malboro, Viceroy, Winston Graven A.
Sweets
Chewing gum
Coffee
Tea
Sugar

Onye chọọ, onye ahụ etinye ego ya ma pịa mashin ahụ aka nke onye ahụ

chọrọ ọ kwụzuru ụgwọ ya adapụtala ya.

Ọ bụ eziokwu na ha na-akwụ taksị n'ihe ọ bụla ha zụrụ ma nke a eruteghị n'uwe ụmụaka na nri a zụtara n'ụlọ ahịa nri. Ma onye gaa họtelụ ga rie, ọ kwụọ taksị ebe ahụ. Nri ha na-akarịcha n'anụ na azụ ụmụ irighiri na irighi na urughuru na urughụ agbazie ya gburu gburu dị ka potato na eresi na ụmụ ihe ndị ọzọ ga.

Agara m ọtụtụ oge ga rie ihe ha na-akpọ 'burger king' bụ bredi nke e jiri anu dị iche iche na ihe ndị ọzọga nạ-atọ ụtọ tinye n'ime ya. Onye risịa ya, ṅụọ miliki nạ mmiri orenji ma ọ bụ grepụ, ṅụzia mmiri nkịtị ma ọ bụ mmanya afọ eju ya.



# 28 Nri Họtelu

Ọ bụ eziokwu na m riri ọtụtụ ihe oriri ha ma n'ụzọ ma n'ebe a na-ere petrolu, echere m na nke a ezuchabereghị m. A kpọkwara m gaa n'otu ụlọ nri dị n'aga otu ọnụ mmiri.

Ka anyị ruru ebe a ndị na-arụ ebe ahụ m hụrụ yicha uwe ọcha ha na-agaghari na-edughari mmadụ dị ka ihe a na-eme na nnukwu oriri nke gọvanọ anyị ma ọ bụ prezidentị kpọrọ. Ndị a kwa kpọọrọ anyị wee jee gosị anyị oche nke o nweghị ndị nọ ya mgbe ahụ. Ọkụ dị n'ụlọ nri ahụ enweghị m ike ikwucha otu ha si dị na otu ha si acha. Ma onye nọdụ ebe ahụ ọ dị ka ọ bụ ọkụ na-enwu n'àla ézè. Ọ bụnadị ụmụaka ndị anyị kpọ jee ebe a anya ha nọ na-ele n'elu ma n'ala na akụkụ. Ejigidere m onwe m ka a ghara ịjụ ma m bụ onye ọhụrụ n'ala ahụ. Ozugbo otu nwaanyị gbatara bịa jụọ anyị ihe anyị ga-aṅụ mgbe onye nke ọzọ na-akpanyere anyị ụka ma na-ajụkwanụ anyị ihe anyị ga-eri. Na ṇke anụ ha jụrụ ma anyị chọrọ nke e siyezighị esiye na a na-ele nke ahụ anya ọ na-agbacha ọbara. Agwara m ha na m chọrọ nke gheziri eghezi.

Ma tutu a na-eweta ihe oriri a anyị tụrụ na mmanya, ha tụụrụ anyị aka ebe ihe irighiri nchọ nchọ na nchọọ oriri dị iche iche e ji akpalite ọnụ nri. Nke a gbagwojuru m anya n'ihi na tebulu abụọ chiri n'ihe ndị a. Amalitere m wee hụ ihe ndị a ha eju m anya. Eji m obi wee gụọ ihe niile ahụ e bupụtara ma ndị a na-ata ata, ma ndi a na-eri eri, ma ndị a na-ara ara ha niile dị iri anọ na isii. Eziokwu ike gwuru m ma ebuuru m efere dị ka ibe m ma dụọ isi na m ga-akpatacha ihe niile ahụ aka, werekwa ha rie ma ọ bụ taa ma ama m aha ha ma amaghị m. Otu ihe obi ji si m ike bụ na ha agaghị egbu m egbu. Ụfọdụ ihe ndị ahụ ha dowere e ji akparite ọnụ nri bụ ndị a

Bredi
letuce
hot pepper
beets
Greek olives
macroni salad
potatoe salad
tomatoes
carrots
shrimps
cantalope
lamb ribs
bacon bits
cucumber
mushroom
beans
sweet corn
celery
string beans
cheese
new roast beef
chicken
fish fillet
ham
cheese
whopper with cneese
cheese burger



harmburger
French fries
onion rings
shakes
iced tea
orange
hot apple pie

Ihe ndị a niile nọcha ya tinyere ndị ha kechichara n'akwụkwọ na ụmụ ihe ndị na-esi ụsị ụtọ a na-atụnye na salad ma nke ndị French ma nke ndị Italy ma ndị na-acha ọcha, ndị na-eji oji ndị dị ọbara ọbara na ihe ndị ọzọ m na-agaghị enwe ike ịkọwacha otu ha dị. N'ihina m chọrọ imetụcha ihe ndị a ọnụ, mgbe m na-ewerechaala efere m ejula. Agbalịrị m edetụchaala ha ọnụ ma ndị na-atọ ụtọ ma ndị na-elu ilu. Mgbem na-educhaala ihe ndị a ọnụ afọ ejula m. Ndị garala 'Eko Hotelu' na Lagos ga-aghọta ụdị ihe a n'obere ya. Ihe nke a ji dị mkpa ịkọ bụ na ha na-akpachara ihe ha na-eri eri anya, na-akwadosị ya ike ma na-eme ka onye bịara iri ihe nwee ọtụtụ ihe mgbam ume na ihe dị iche iche ọ ga-eri. Nke a na-emekwa ha ji wee na-eto ogologo na-ebukwa ka ehi. Nri ha amaka, ha na-erikwanụ ha otu ọ dị mma. /3/8

# 29 Shọpụ Ha

O nwee otu ihe e meziri nke ọma n'ala America ọ bụ ebe ha na-azu ma na-erekwa bụ na shọpụ ha. Ọ bụ eziokwu na ha nwere ụmụ ahịa ndị ntakịrị dị ka ndị a na-azụ n'ala anyị n'ụbọchị Satọdee na Sọnde na shọpụ ntakịrị dị iche iche mana ha nwere nnukwu ụlọ ahịa bụ shọpụ ha ebe ha na-ere ọtụtụ ihe dị iche iche.

Ụfọdụ shọpụ ndị a ka ha na-akpọ:

- Alexander
- Caldor
- Woolco
- Wayside Clothing
- Anderson
- Anderson Little
- Marshals
- Kings

Shọpụ na ndị a a ma ha ama. Ha buru ibu dị ka e weta Kingsway Lagos abụọ ma ọ bụ atọ dekọọ ha ọnụ. A na-ebu ihe dị iche iche n'ime ha dị ka uwe, ngwa ụlọ, ngwa eletrik na ihe dị ọzọ. N'ihi shọpụ ha buru ibu ọtụtụ mmadụ na-abịa ha dị ka ebe a na-eje otu Ọnicha. N'ihi ya ha tinyesịrị ihe na-egbochi onye ohi izu laa. Ọnụ ụzọ ha na-abụ otu ihu nke mbata sọọsọ ma ọ bụ nke ọpụpụ sọọsọ. A zọsa ukwu n'ihu ọnụ ụzọ, ya emehee onye ahụ abaa. N'ime ha e nwesịrị ihe anya T.V. nke na-eseta onye ọ bụla batara ma ọ bụ na-agagharị foto n'onye ahụ amaghị. Onye mehie ma ọ bụ zuru ihe ndị nche ha na-agagharị dị ka ndị na-azụkwa ihe ejide onye ahụ. Ụfọdụ shọpụ mmadụ bata ya egbuo fịọm fịọm ụzọ isii,



ọpụpụ otu aka ahụ kwa.

Ihe niile a na-ere ebe ahụ bụ onye ha-azu ghọrọ otu akpa ya ha, gaa kwụọ ụgwọ ma buru laa. Oge mmemme Ekeresimesi ruwe, ọ na-adị egwu ị ga-hụ ụlọ ahịa ndị a otu e si chọ ha mma a tinye abụ na-emebisi mmadụ isi n'ime ha. Otu ihe ọma nọ n'ime omume ha gbasara ahịa ha bụ na onye zụchaa ọ dịghị onye ahụ mma, onye ahụ nwere ike weghachi ya e nyeghachi onye ahụ ego ya ma ọ bụ ihe ọzọ. Ọ bụrụgodu efe ka onye ahụ zụrụ gaa sụrụtụchaa ọ bazighị onye ahụ otu ihe ahụ na-emekwa.

Ahịa shọpụ ha anọghị n'ikwebe ọnụ ọ gwụla mgbe ụgụrụ bịawara ha egbutuo ọnụ ihe ndị a na-eyi n'okpomọkụ na otu aka ahụ ma okpomọkụ bịawa ha ewedeta ọnụ ihe ndị ụgụrụ ree ha ọkshọn.

30

# Iso Iwu

Ndị America bụ ndị na-esọkarị iwu. Ha anaghị achọ ịda iwu. Ha dakwanụ iwu ha na-ekwu eziokwu otu ha na ihe ahụ si me. Ndị uwe ojii ha ma iwu ha ruo na mbọ aka ha. Ha na-esochasị ya ma na-asọ iri ngarị oyi. Kama iri ngarị, ha agbaghara onye ahụ.

Onye ọ bụla ma otu iwu si wee dị n'ihi na a dị mmadụ nari ihe dị ka iri itolu maara agụ na-edekwa iji mata ihe kwesịrị onye ọ bụla ime ma ọ bụ emela.

Nke a egosighị na ọtụtụ anaghị emebi iwu nke ka nke n'etiti ha. Ma onye e jidere ya na ihe dị n'okwu na ụka nke ahụ emebe. N'ebe ọ bụla bụ ebe ọha ha na-anọ n'ahịrị n'ahịrị n'enweghị onye ga-akwa ibe ya ma ọ bụ tgafere ndị ọzọ gbafee n'ihu. Onye mee otu ahụ a ga-eche na ụbụrụ isi ezughị onye ahụ oke.



31

# Ụlọ Ha

Ọ dịghị ụdị ụlọ na-anọghị n'ala ha. A na-ele ụlọ ụfọdụ anya ọ dị ka ha adịla ochie ma a baa n'ime ha, a ga-ahụ na ha mara mma ọ bụ eziokwu na ha anọọla ọtụtụ afọ.

Ụlọ ha ọ bụla nwere ụlọ ọzọ n'ala n'okpuru ya. Ụlọ dị n'okpuru ụlọ ha ka ha na-akpọ 'basement'. Ọ bụ n'ụlọ 'basement' ka ha na-edowe ihe ndị ha na-achọchaghị n'ime ụlọ. Ọ bụ ebe a ka ihe na-enye ha okpomọkụ na-anọ. Ọ bụ ebe a ka ha na-edowe mashin na-asara ha akwa na nke na-aghịkọ ya. Ọ bụ ebe a ka ha ha na-edowe ebe ha na-agbasa akwa. Ihe nke a ji dị mfe bụ na ha na-eji igwe igwe e mere okeze ụlọ.

Ọ dị otu ụlọ mmadụ nyere ndị yunivasitii Yale tutu onye ahụ anwụọ. E mesiri ndị a achọọ iwa ụzọ ọzọ ma ụlọ a nọchiri ụzọ ụzọ a. Ụlọ a dị ukwụ atọ n'elu. Ha bịara gaa ebe ọzọ dị nso ụlọ ahụ gwuo ala ha ka ebe ụlọ ahụ nọ bịa werezie igwe dị iche iche kpụrụ ụlọ ahụ ka ụlọ 'Eastern House' mbụ wee foga ya n'ebe ha gwuru ala ma donye ya ebe ahụ, ụlọ akwụrụkwa dị ka ọ dị na mbụ. Nke a bụ ji anya hụrụ ma kwerekwa. Dị ka anyị si hụ maka ụlọ ndị tooro ogologo, ha na-etinyesi ndị a eskeletọ na elevatọ n'ihi na oku na-akwọ ha anaghị anyụ anyụ. Ọtụtụ ụlọ ha nke ka nke ndị dị na new York. Anya mmadụ anaghị eru n'elu ha. Ilehi anya elu ile, ha nwere ike ibuteere mmadụ anya aju.

Ụlọ ebe ndị ọcha ha bị na-adịtụ iche n'ebe ndị isi ojii bi n'ụzọ ha si chọọ ụlọ ha na gburu gburu ụlọ ha ọcha karịa nke ọtụtụ nke ndị isi ojii. Ụlọ na-arakwanụ ahụ nnweta.

# 32 Postu Ọfịsị

Ụlọ postu ọfịsị ha jụpụtara ebe niile ebe igbe ha na-eji atụnye leta jụrụ ka n'ụzọ niile. Leta ọ bụla e tinyere na mvulopu ha ga-achọ ka ha mara ka arọ ya ha tutu ha anara ya. Ma ha agaghị atụfụ mmadụ oge n'ime nke a. Mmadụ niile na-akwụ n'ahịrị. Onye nọgherie, ha ahapụ ya ruo mgbe ha nyechaara ndị nọ n'ahịrị aka. Ọ dịghị onye ha na-ele anya n'ihu ma agadị nwaanyị ma ụmụaka. Otuaka akwụkwọ ha si aga were were, ọsịịsọ ọsịịsọ dị egwu. Leta ọ bụla a tụnyere n'ụlọ ọrụ ha na-eru onye nwe ya ọ karịchaa na mkpụrụ ụbọchị abụọ. Onye nwee 'telegram' ya rute, ha akpọọ onye ahụ na foonu gwa ya ozi o nwere tutu ya bụ waya erute onye ahụ.

Onye nwee pasul ha na-eburu ya butere onye ahụ onye ahụ etinyeere ha aka n'akwụkwọ a ọ natala ya tutu ha alaa. Ọ dị m ka ya bụrụzie n'obọdo anyị ka a na-eme otu a.



# 33 Ndụ Ha

Ebe ihe ọma nọ ihe ọjọọ nọkwa ya. Ebe ihe ụtọ dị ihe ilu nọ ya. Ebe ihe dị ziziiri dị nke gbagọrọ agbagọ nwekwara ike ịnọ ya. Otu ụfọdụ si ekpe ụka na otu ụka si nọdụ n'ala ha otu ahụ ka ndị na-anaghị eje ụka ji bụrụ aja. Ha nwere ụlọ ụka ọtụtụ makwara mma, mana ụbọchị okpere ha anaghị eju eju. Ụfọdụ na-eje ụka ụbọchị abụọ na ndụ na ụbọchị ha na-agba akwụkwọ nke ọzọ mgbe ha nwụrụ.

N'ụlọ ụka – 'Church on the greens' nke m jere ụkwe ukwe ụmụntakịrị dị iri na asaa ekweghị m chefu. Ma ka a na-eme ụka a na-ekwe ụkwe ka ọtụtụ nọ n'ezi na-anya anwụ sụrụ uwe ọ fọrọ nwantịị ka ha gbara ọtọ. Ọtụtụ ndị eziokwu jụrụ n'ala ha ndị okwu asị agbaakwa kaị. Ha na-asịkwa na ọ dị mma ka e nye mmadụ dum ihe ha otu mana ndị ojii anaghị erucha n'okwu ndị ọcha n'ime ha n'ebughị ụzọ gbaala ya mgba.

E nwere ụlọ ihe obi ụtọ dị iche iche ma ebe igwuri egwu, ịkụ bọọlụ ụlọ oriri na ọṅụṅụ. Otu aka ahụ ka e ji nweekwa 'funeral homes' ya bụ ụlọ ebe a na-adọwa ndị nwụrụ anwụ ruo mgbe a ga-eburu ha lie. Ụlọ ndị a na-anọ n'etiti ụlọ ndị ọzọ ma mma mma ya na falawa a kụziri n'elu ma n'ihu ha. A naghị amala ụlọ ndị a amala.

Otu ndị ọma si ju ka ndị ọjọọ sikwa sụọ gedee n'ala ha. O nwere ọtụtụ na-ebu egbe ha na-eji agbagbu ndị ọzọ. O nwere ndị na-adọkpụrụ ụmụ agbọghọ mee ha nnukwu ihe ọjọọ n'ekweteghị ekwete ha ma mgbe ụfọdụ gbuokwanụ ha. Ndị ohi dịkwa n'ime ha ma ha na-ezu n'ụlọ akụ ukwu ebe ha ga-anata ego buru ibu.

America buru ibu n'ihi na mmadụ si n'akụkụ ụwa niile jụrụ ya. Ndị America na-awanyekwa aka n'obodo ụwa niile iji mee ka a na-amata ike ha ma na-enyekwa ha ugwu. Ha na-emenyeere onye ọ bụla n'igupụta ozi

na t.v. A na-azụ onye na-eji aka na-egosipụtaara ndị ụdụ a na-eme nke na-akọwaara ndị a. Ha na-atụfụ ego iji wee zipụta ozi ha ma ọ bụ ihe ọ bụla. Mgbe ụfọdụ ha na-eji ụgbọ elu ama ọkwa ire ahịa site n'iji jet. Ọ na-agba ahụrụ ọkụ si ya n'ike a na-ede ihe ahụ n'igwe.

Ọ dịghị ụdị ụzọ dị iche iche ndị Amerịka anaghị eji achọpụta ihe zoro ezo dị ka nke Water gate na Washington. Ọ dịghị obodo ndị nchọpụta ha (ndị FBI) anọghị. Ndị nchọpụta ha nwere ike ịbịa n'ụdị ọ bụla. Ha nwere ike nọ ọ oge ọ masịrị ha rụọ ọrụ ọ bụla iji wee mee ka ha chọpụta ihe ha na-achọ. Ha dị egwu.

Ndị Amerịka na-arụ ọrụ otu kwesịrị jiri ọrụ ha kpọrọ ihe, na-eri ezigbo nri. Nke ka nke bụ na ha na-eme nchọpụta dị iche iji chọpụta ihe ọ bụla ga-etinye aka n'amamihe, na nchọpụta na ọdịmma ndị mmadụ. Ha anaghị añụ mmanya bịa n'oge ọrụ. Ha anaghị azụta na-añụ ọgwụ otu o si sọ ha. Mgbe m nọ ebe ahụ isi ọwụwa nyetụrụ m nsogbu ma enweghị m ike ịzụta mkpụrụ ọgwụ ọ bụla n'ụlọ ebe a na-ere ọgwụ ha jụrụ ebe niile. Gịnị butere nke a? Ọ bụ dọkịta na-ele mmadụ ahụ, mara ihe na-arịa onye ahụ tutu e dere onye ahụ ọgwụ o jezie zụrụ. Ndị na-ere ọgwụ agaghị eresị onye ahụ ma ha ahụghị na o bụ ọgwụ ziri ezi nke dọkịta sịrị ka onye ọrịa ahụ zụrụ.

Ha rụchaa ọrụ ha na-enwe ezumike na ihe ngwuriegwu dị iche iche nke ha na-eji eme onwe ha obi ụtọ wee na-anọ ndụ ogologo. Ụlọ ọgwụ ha dịkwa ọtụtụ ma bụrụ ịgba.

Dị ka obodo ha nwere oge ndị a dị ka oge ezumike arụghị ọrụ ha. Oge ndị ahụ bụ ndị a:

1. Afọ ọhụrụ — January 1
2. Ụbọchị ncheta ọmụmụ George Washington — February 22
3. Ụbọchị ncheta ndị ha e gburu n'agha — May 30
4. Ụbọchị ha nweere onwe ha — July 4
5. Ụbọchị ndị ọrụ ha Mọnde mbụ na Septemba
6. Ụbọchị ncehta ndị ha lụrụ nnukwu agha — Novemba 11
7. Thanks-giving Thursday nke anọ na Novemba
8. Ekeresimesi — December 25



# 34 Mmechi

N'ije nke a m gara nke m nọrọ abalị iri abụọ na ise, ahụrụ m ọtụtụ ihe, gaa ọtụtụ ebe ma riekwanụ ọtụtụ ihe nke m na-ahụbeghị mbụ. M nụkwara ọtụtụ akụkọ dị iche iche. Ego m kwụrụ maka ya bụ njem efughị na nkịtị. Oge m nọrọ ebe ahụ alaghị n'iyi. agasịrị m wee lọghachi. Ma a sị na anụ kpọ nwa anaghị agba ajọ ọsọ. Mee elu mee ala, ala mmadụ bụ ala ya. A gachaa a ga-alọta..

Ọ dị mma ka mmadụ na-ejepụ ejepụ. Ọ bụ ya ka nwa mkpị ji jechaa ije wee pụta na-akpọlị imi elu si na njem amaka ọ bụ ya mere nwata ngānga ji kara okenye isi awọ ihe ama. Americaamaka. Ọ dị mma ka onye ọ bụla nwere ike jee ya. Na mechi, aga m eji okwu nke John F. Kennedy nke Amerịka kwuru maka ndị America na ndị ụwa dum n'olu nke m dụọ anyị niile n'ala anyị ọdụ:

N'ihi ya ụmụ Igbo na Naịjirịa ibe m,
Unu ajụla ihe obodo unu ga-emere unu:
Jụọnụ ihe unu ga-emere obodo unu.
Ụmụ ibe m ndị Naịjirịa unu ajụla
Ihe Nigeria ga-emere unu
Kama ka anyị jikọta aka ọnụ ka
Anyị mara ihe anyị ga-eme
Maka ọdịmma obodo anyị na mmadụ niile.

## Akwụkwọ Ndị a Rụtụrụ Aka

1. *Time Mgazine* April 7, 1980
2. *World Population data Sheet*
   *Population Reference Bureau, 1980*



# Nkem Ejee America

### Ajụjụ:

1. Steeti ole mejupụtara obodo America?
2. Kedụ akwụkwọ ikikere a na-enweta na-eme ka mmadụ banye obodo ọzọ ma e wezụga passpọt?
3. Depụta aha ụgbọelu ahụ Nkem ji wee jee ije a.
4. Mmadụ ole ka plen DC 10 na Airbus A 300 na-ebu?
5. Site na Lagos ruo New York ọ dị ihe dị ka maịlị ole n'elu?
6. O na-ewe ihe dị ka awa ole e ji efe ya?
7. Kọwaa ma depụta ihe a na-ahụ n'ọdụ ụgbọelu nke John F. Kennedy nọ na New York.
8. Olee ndị mere ka njem Nkem nwee isi?
9. Ebee ka ndị ahụ bi ha si bịa kpọrọ Nkem?
10. O nwere steeti ise ebe Nkem jere, olee aha steeti ndị ahụ na aha ọzọ a na-akpọgasị ha?
11. Olee ebe na ebe ụkwụ Nkem kpara n'ime New York?
12. Gịnị bụ ebe ọ gakwara hụ na Washington D.C.?
13. Olee ebe ọ gakwara leta na Philadelphia na Connecticut?
14. Depụta, o peka mpe, ihe asaa Nkem rụtụrụ aka na ha.
15. Gịnị ka ị ghọtara bụ 'base ball'?
16. Olee ebe 'Yankee Stadium' nọ"
17. Gịnị bụ 'Department of Correction"?
18. Olee ihe a na-akpọ ụlọ nzụkọ ụwa niile nke nọ na New York?
19. Onye malitere irụ ụlọ a?
20. Olee afọ nke a bụ?

21. O nwere n'akụkụ mmiri na New York ebe a rụrụ ụlọ a. Kedụ aha mmiri a?

22. Kedụ otu ụlọ a ha n'elu?

23. Oleekwanụ ego ole e ji malite irụ ụlọ a?

24. Onye wepụtara ego a?

25. Kedụ ụzọ ole e kere ọrụ dị iche iche dị n'ụlọ a?

26. Obodo ole nwere nnukwu ikikere a na-akpọ 'Veto Power' n'ime nzụkọ a?

27. Depụta aha obodo ndị a ma depụtakwa ihe kpatara ha ji nwee ụdị ikikere dị otu a.

28. Asụsụ ole ka a na-eji ekwu okwu n'ọgbakọ a?

29. Olee asụsụ ndị ha bụ?

30. Gịnị ka ha na-anọ na 'meditation room' eme?

31. Ụkwụ ụlọ ole otu n'ibe ya ka ụlọ 'World Trade Center' nwere?

32. O nwere okporo ụzọ abụọ chegidere ya bụ World Trade Center. Kedụ aha okporo ụzọ ndị a?

33. Gịnị ka e ji ari ụlọ elu a?

34. Gịnịkwa ka a na-emegasị n'ime ya?

35. Gịnịkwa na-enyere ndị mmadụ aka ha elegharịa ma lezuo New York anya site n'elu ụlọ a?

36. Olee ọnọdụ Washington DC n'America?

37. Kedụ ka ụlọ dị na Washington D.C. na-aha n'elu?

38. O nwekwara ụlọ ndị a ma ama na Washington D.C. Kedụ aha ha?

39. Gịnị bụkwa Arlington Memorial Cemetary?

40. Kọwaa ka ya bụ ebe si dị.

41. Kedụ ndịiche ya na ebe anyị nwere ihe yibere ya?

42. Ego ole ka a kwụrụ maka nnyefe ya n'aka Gọmenti nke U.S.?

43. Depụta aha ihe dị ka mmadụ atọ ili ha nọ ebe ahụ.



44. Olee ihe e dere n'ili nke John F. Kennedy?

45. Gịnị ka Nkem mere mgbe o rutere n'ili ya?

46. Gịnị ka o mekwara ka o ji na-echeta ebe ahụ?

47. Depụta, o peka mpe, ihe atọ a na-atụ anya na onye bịara n'ọba ili ahụ ga-eme.

48. Olee adresị ọfịịsị a na-anata ikikere tutu iji gaa n'ọba ili ahụ?

49. Mejupụta ụzọ Nkem si kọwaa maka ọba ili ahụ. Ọ sị "E meziri ha ebe anya mmiri ya .........."

50. Kedụ ebe bụ 'White House'?

51. Olee afọ Naịjirịa malitere nomiwe ọchịchị nke onye prezidenti?

52. Olee nke bụkwanụ 'Capitol'?

53. A na-ahụ ụmụ anụmanụ ụfọdụ na fịldụ nọ n'ihu White House. Kedụ ụmụ anụmanụ ndị a ihe ha bụ?

54. Nkem, ọ sị na ilelebe ha na-eme gịnị?

55. Mmadụ ma ọ bụ ndị ọbịa na-enwe ike ịba n'ebe ọ bụla na White House ma e wezụga ebee?

56. Kedụ nke bụkwanụ 'Jefferson Memorial'?

57. Ụlọ akụ ndị ụfọdụ dị na Philadelphia na-ewu ewu. Depụta ise n'ime ha.

58. Olee aha otu yunivasitii (Mahadum) na-ewu ewu n'Amerịka dị na Philadelphia?

59. Gọsịpụta ụzọ e si amata ụmụ akwụkwọ ọhụụ na-abata na yunivasitii ahụ.

60. Olee aha a na-akpọ trọọlị nke ụgbọ tren eletriki ahụ na-ebu mmadụ aga n'ọba ụmụ anụmanụ (zuu) nọ ebe ahụ?

61. Kedụ ụzọ Nkem si kọwaa maka mmadụ na-aga na-apụta na zuu ahụ na-adị?

62. O nwere ebe onye ahụ zuru oke na-agaghị enwe ike ịdọba ụgbọala ya. Olee ndị a na-ahapụụrụ ebe ahụ?

63. I chere na omume na omenala di otu a mara mma?
64. Kedụ aha nnukwu mgbịrịmgba ukwu ha nwere ebe ahụ?
65. Gịnị ka mgbịrịmgba a na-echetara ha?
66. Kedụ ka ime otu ọnụ ụlọ dị nâ ya dị?
67. Olee aha otu nnukwu họtelụ nọ na Philadelphia?
68. Gịnị bụ 'jogging'?
69. Olee ihe kpatara Nkem ji wee sọrọ na-eme nke a?
70. Kedụ aha ụlọ akwụkwọ abụọ aha ha na-ewu ewu na Connecticut?
71. A sị na yunivasitii nke Yale sọ na nnukwu mahadụm asaa na-ewu ewu n'Amerịka. Gịnị ka a na-akpọ ha?
72. Depụta aha yunivasitii ndị a.
73. Olee ọnụọgụ akwụkwọ mahadụm Yale nwere n'oge ahụ?
74. Site na ndị na-akụzi ngwa egwu dị iche iche gbakọta ma depụta ihe ga-abụ ọnụọgụ ndị nkụzi na-akụzi ihe na ngalaba muzik ha na Yale.
75. O nwere otu nnukwu ọkammụta muzik onye Igbo gụrụ akwụkwọ ebe ahụ. Kedụ aha ya?
76. Kedụkwanụ maka ọnụọgụ ụmụakwụkwọ nke muzik ebe ahụ?
77. Depụta aha ngwa egwu, o peka mpe, iri ha nwere ebe ahụ.
78. Onye na-enwe ma na-azụta ngwa egwu ndị a?
79. Kedụ ihe Nkem kwuru maka nwata nwaanyị ọ hụrụ n'otu ọfịịsị ebe ahụ oge ezumike nta nke ndị ọrụ?
80. O kwesịrị ka anyị na-arụ otu ahụ ka ọ bụ na ọ kwesịghị?
81. Nkem sị na nwunye ya jetụrụ ụlọakwụkwọ nke Southern Connecticut College mgbe ọ gara Amerịka n'ije nke ole?
82. Kọwaa ụzọ Nkem si maa atụ maka ọdụ ụgbọelu nke New Haven.
83. Olee ada nwaanyị onye Igbo ọ kpọrọ aha maka ịnya ụgbọelu.
84. Gịnị ka i chere o ji jiri onye nke a maa atụ?
85. Ụgbọelu ole ka ọ gụtara nọ n'ọdụ ụgbọelu ahụ mgbe ahụ?



86. Depụta, o peka mpe, ụzọ ihe asatọ a na-ahụ na muziọm ahụ?
87. Agụịyị nke a na-akpọ 'African Crocodile', kedụ ka ogologo na arọ ya ha?
88. Nnụnụ nke a na-akpọkwanụ 'Giant Moa' si New Zealand, kedụ ka ogologo ya ha?
89. O ga-ewe ihe dị ka awa ole tutu mmadụ agachaa muziọm ahụ?
90. Dee, o peka mpe, aha ụgbọala dị n'Amerịka ihe dị ka iri abụọ.
91. Mmadụ, o nwere ike i were nọmba masịrị ya dee n'ụgbọ ala ya?
92. Kedụ ka ọnụọgụ ndị nwere ụgbọala na ndị na-enweghị si dị n'America?
93. Gịnị kpatara na sọọsọ onye ọkwọ ụgbọ na-anọkarị na-anya ụgbọala ndị trela na ngwongworo ha karia inwe onye na-eso ya dị ka kondọktọ ụzọ anyị si enwe ya ebe a?
94. O.P.E.C. ọ bụ ma ọ bụ ọ pụtara gịnị?
95. Kedụ ihe Amerịka ji hụ obodo anyị n'anya ma ọ bụkwanụ gịnị ka ha ji ije ha n'obodo anyị anaghị agacha nke ọma n'ihe gbasara mmanụ petrolu?
96. Olee otu ebe a rụtụrụ aka ndị Amerịka na-esipụta mmanụ ụgbọala bụ petrolu n'ala ha?
97. Gịnị mere ụgbọala ha ji anọ ọtụtụ afọ tutu ọ kachaa?
98. Olee ụdị ụgbọala nke Nkem sị na ya ahụghị?
99. Gịnị ka i chere kpatara na ụgbọala ha anaghị ada oke ọnụ ebe ahụ mana ego ya hiri nne n'ala anyị?
100. Gịnị mere na ha anaghị atụfụ oge ha iji rụziwe ụgbọala ha mere nnukwu mmebi?
101. Kọọ ka igwe ji asachara ha ụgbọala.
102. Ịsa ụgbọala n'igwe, kedụ oge ọ na-ewe?
103. Kedụ aha ụgbọala ha ji ebu ngwongwo?
104. Olee ebe ụfọdụ ndị nwere ụgbọala na-arụrụ ha iji dọwa ụgbọala ha?


105. Olee aha a si na ha na-akpọ okporo ụzọ awara awara ha?
106. Gịnị ka i chere mere ha anaghị enwe nkwụsị nkwụsị n'ụzọ ha?
107. Olee ihe ndị na-adị n'aga okporo ụzọ ha nke na-enyere ha aka ha a na-aga nke ọma na obi ụtọ?
108. Ha na-agba ụgbọala n'aka nri ka ọ bụ n'aka ekpe?
109. Gịnị ka ha na-eme ma ha chọọ isi n'aka ekpe gbafee/n'aka nri?
110. Olee ihe notisi dị iche iche na-emeere ha?
111. A sị na ha rụọ ụzọ ha arụchaala. Olee ihe ọzọ a gbakwunyere?
112. Gịnị bụ 'toll gate'?
113. Gịnị na-eme onye tinyere ego na-ezughị ezu ma ọ bụ tinye ego ọjọọ?
114. Kedụ ka ndị uwe ojii si agwa onye nọ n'ụgbọala ya okwu?
115. Gịnị na-eme onye ṅụrụ mmanya n'ịnya ụgbọala ebe ahụ?
116. Olee uru telefoonu bara?
117. Olee ndiiche dị na telefoonu nke ndị Amerika na nke anyị?
118. Kedụ nke bụkwanụ 'Kọlekt kọọl'?
119. Depụta ihe ụfọdụ ha ji foonu na-eme ebe ahụ.
120. Kọọ otu Nkem ji wee nwee ike weghachi akpa ya nke o chefurụ n'otu ụlọ ahịa ha.
121. Gịnị bụ banki?
122. Depụta aha banki ụfọdụ nọ n'America nke ịgụtara n'akwụkwọ a.
123. Kedụ ka ndị ebe ahụ si arụ?
124. Ihe dị ka oge gịnị ka mmadụ ga-eji baa na banki ha ma nweta ego ya?
125. Kedụ ka onye bịara banki si anọ?
126. Kedụ ihe ha na-asị onye o ruru n'oge nke ya?
127. Kedụ nke a na-akpọ 'drive through'?
128. Kedụ ihe atọ ndị ahụ ji mmadụ ndụ?



129. Olee ihe ọkụ eletriki na-arụrụ ha?
130. Ọkụ ha ọ na-anyụ anyụ?
131. Mmiri ha ọ na-akpọchi akpọchị?
132. Foonu ha ọ na-abụ a kpọọ a dighị mma?
133. Gịnị kwesịrị ka anyị mụta n'ihe ndị a?
134. Olee aha ụlọ nri ndị na-adịkarị n'okporo ụzọ ha? Kpọọ ma ọ bụ depụta atọ.
135. Dee, o peka mpe, aha ụdị nri ma ọ bụ ihe oriri na ọṅụṅụ ha nwere ruru iri abụọ.
136. Kedụ ihe ụfọdụ e nwere ike ịzụta ma e jiri ego tinye na 'mashin ọkụ na-eri ego' ahụ?
137. Nke a na-akpọ 'burger King', Olee otu ọ dị?
138. Kedụ ihe ha anaghị-ana taksị n'elu ya?
139. Depụta ụzọ nri ma ọ bụ ihe oriri iri e ji akpalite ọnụ nri na họtelu ha.
140. Gịnị na-ebutekaarị ha ito ogologo na ibu ibu?
141. Depụtasịa aha shọpụ ha nwegasịrị.
142. Kedụ ka ndị ukwu n'ime ha ha?
143. Gịnị ka ha mere maka izu ohi na shọpụ ha?
144. Gịnị na-eme na shọpụ ụfọdụ ma mmadụ bata n'ime ha?
145. Kedụ mgbe ha na-eweli ma ọ bụ na-eweda ọnụ ngwa ahịa ha?
146. Olee ọnọdụ iso iwu n' America
148. Kedụ ụdị ụlọ dị n'ala ha?
149. Olee ihe a na-akpọ 'basement'?
150. Kedụ uru ebe ahụ bara?
151. Olee ebe a sị na e bughariri nnukwu ụlọ a rụrụ arụ bufee ebe ọzọ?
152. Kedụ ihe ha ji arigo ọtụtụ ụlọ elu dị n'ala ha?

153. Kọọ maka ụlọ postu ọfịṣị ha.
154. Leta ọ na-anọ abalị ole erute onye nwe ya?
155. Kedụ ka ha na ụka si eme n'ala ha?
156. Olee ihe ndị na-enyegasị ha obi ụtọ?
157. Ginị bụ 'funeral homes'?
158. Olee uzọ nke a siri yie nke anyị?
159. Ndị ọjọọ ha dịkwa n'ala ha?
160. Kowakwuo maka ndụ ọrụ ha.
161. Ị gụchaa Nkem eje America, olee ndụmọdụ ị ga-enye ndị njem na ndị ode akwụkwọ na ndụ ndị ala anyị?








Nkem na ọgọ ya nwoke na nwanne ya nwaanyị na ọtụ nwa Nkem na-etinyetụ ihe n'ọnụ.





Nkem nokwa na nleghani anya ne-ele statue nke ọ hụrụ na Philadelphia.



Nkẹm akpagharịa n'elu inyịnya





Nkem na ogo ya nwoke
n'elu World Trade Center

